ÉKWÉ JỌNAL NKE NDỊ  IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA
Volume 10; No 1, October, 2018

Onyenhazi:
Onukwube Alex Alfred Anedo

**ÉKWÉ JỌNAL**
Ọkwa ideta akwụkwọ

**Ékwe Jọnal nke ndị IGBO SCHOLARS FORUM, Nigeria** na-akpọku ndị odee nwere ederede e nyochere ma dezie nke ọma n'ihe gbasara Igbo na ndị ya, ka ha wete ha ka e bipụtara ha n'Ekwe Jọnal.. Anyị na-anabata ederede na atụmaatụ ọbụla metutere ọdịmma ndị mmadụ, asụsụ, ekpemekpe, agụmakwụkwọ, mgbaragwụ na mkpakwụkwọ, Akụkọntọala, Akụnaụba, Mmekọrịta mmadụ na ibe ya, Omenala, Nkanaụzụ, Mmekọrịta azụmahịa, Ọchịchị, Gburugburu, dgz. Zite akwụkwọ gị dịka akpaozi ntado nke ikuku site n'akara ozi ikuku a: igboscholarsforum@yahoo.com maọbụ i bipụta ya n'akwụkwọ ụzọ abụọ ma zigara ya otu onye n'ime ndị nhazi Jọnal a.Ụdị nrụakaebe ihe ndị e legere anya n'ide ederede anyị ga-anabata bụ MLA agba nke asaa. Jọnal a bu n'obi ịdị na-ewepụta akaọrụ ya kwa.

Onukwube Alex . A. Anedo
Onyenhazi
IGBO SCHOLARS FORUM NIGERIA
Department of African & Asian Studies,
Nnamdi Azikiwe University Awka,
Anambra State – Nigeria
Phone: +2348037859249, 08149225739
e-mail:igboscholarsforum@yahoo.com;
web: http://wwwigboscholarsforum.com.ng

Vol.10; No.1 October, 2018 ISSN: 2476-8448

Printed by:
Besing Books Multipurpose Publications
No. 9 Wisdom Avenue, Suleja, Niger State
08060850177

ISSN: 2476-8448

## FROM EDITORIAL DESK

**Ekwe Jọnal** bụ otu n'akaọrụ ndị Igbo Scholars Forum nke malitere site n'obi ịnụ ọkụ iji chịkọlata ụmụaka Igbo gụrụ akwụkwọ ka ha wee nwee ike ịmalite chewe echichi dịka ndị Igbo site n'idepụta akwụkwọ, na-ezukọ ma na-enwe ọgbakọ. N'eziokwu, ọ bụ Dr. Onukwube Alexander Alfred Anedo and Dr. Mrs. Ngozi Thecla Udemmadu (Nee Obiora) malitere Igbo Scholars Forum was founded nke bidoro mgbe ha wepụtere akwụkwọ ha dere maka nna ọkpụtọrọ ọkpụ nke otu a bụ Prof. Obed Muojekwu Anizoba (Ozonwa),ka ọnwa Disemba nke afọ 2013 dị mkpụrụ ụbọchị iri na ise. Iji kwanyere ya ugwu. N'afọ ọma ya, Prof O. M. Anizoba kwere ha ọnya ikuku, http://www.igboscholarsforum.com.ng ebe ha ga-esi na-agwa ụwa ndị ndị Igbo bụ, ihe gbasara ndụ ha na ihe ha kwenyere na ya.. Jọnal ndị ọzọ nke ndị otu a chọrọ isi na ha na-eche Igbo n'ihu ndị ụwa bụ Ideal Journal na Igbscholars Journal.

Onukwube A. A. Anedo, Ph.D.

**Ndị ndụmọdụ:**

**1. Dr. Mrs. Lizzy Anizoba**
Department of English and Litrature, Paul University, Awka – Nigeria
**2. Prof. Sam Uzochukwu**
Department of Linguistics, African & Asian Studies, University of Lagos Nigeria
**3. Prof B. Okolo**
Department of Languages & Linguistics, University of Benin, Edo State, Nigeria
**4. Prof. Paul Ikechukwu Oguguo**
Department of Philosophy, faculty of Arts, Nnamdi Azikiwe University, Awka, Nigeria
**5. Dr. Mrs. Evelyn Ezinwanne Mbah**
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian languages, Faculty of Arts, University of Nigeria, Nsukka, Nigeria
**6. Dr. Lucy Mgbemgasha Apakama**
Department of Nigerian Languages, Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri, Imo State, Nigeria

(c) Igboscholarsforum 2018

**Ndị so n'otu ndị nhazi**

**1. Onukwube Alex Alfred Anedo** (Onyeisi Oche)
Ph.D. (African Culture & Civilization); M. A. (African Culture & Civilization); M.Phil. (Chinese Culture & Anthropology); B.A.Ed. (Ed/Igbo/Linguistics); N.C.E. (Igbo/Religion); Diploma in Chinese Studies. Senior Lecturer, Nnamdi Azikiwe Umniversity, Awka; Visiting Senior Lecturer, Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian languages, University of Nigeria, Nsukka, Nigeria

**2. Rev. Bro. Charles Ogbuchukwu Okeke**
Ph.D; M.A. (ATR), B.D (Theo); B.Phil, PGDE, Dipl (Italian & French), Head of Department, Relious Studies, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe, Anambra State, Nigeria,

**3. Enyinnia Samuel Ikokwu**
Ph.D, M.A; B.A. PGDE.(JOS). Specialist in Igbo Literature & Stylistics Department of Linguistice, Igbo & Other Nigerian languages, University of Nigeria, Nsukka, Nigeria

**4. Friday Ifeanyichukwu Ogbuehi**
Ph.D; M.A. B.A Department of Religion, Trinity Theological College, Umuahia, Abia State, Nigeria.

**5. Deacon Ndubuisi Ogbonna Ahamefula**
B. A. Linguistics M. A. Linguistics,
Department of Liguistic, Igbo & Other Nigerian languages, University of Nigeria Nsukka

**6.Viola Chinenye Edeze**
Ph.D;(African Culture & Civilization), M.A.; B.A.Ed/Igbo/Lin
Department of Nigerian Languages, Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri, Imo State, Nigeria

**7.Chimezie Okoye**
B.A. (English) Odeakwụkwọ, Igboscholars Forum, Nigeria.
Besing Books, No. 9 Wisdom Avenue, Suleja, Niger State.

**8. Ben Nkemdirim Igbokwe**
B.A. M.A. Ph.D. (NAU) African Culture & Civilization
School of General Studies, Federal University of Technology, Owerri, Imo State, Nigeria

©Igbo scholars' forum, Nigeria 2018

**Ndịnaya na ndị Odee**

1. **Ngụgharị *Amaechina* Nke G. I. Nwaozuzu**
**Ezebube, Chinedu Chidiebere**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị Ọzọ
Mahadum Naịjirịa, Nsụka
chinedu.ezebube@unn.edu.ng, 07030565592/08171253789
**2. Abụ Igbo Na Mmepe Ala Naijiria. Nnyocha Abụ *Akọ na Uche* nke Echebina dere.**
Oluchi Nebolisa na Blessing Onwubie
Ngalaba Asụsụ Igbo. Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri, Imo State.
**3. Mkpọaha na Nnọchiaha Na-enweghị Nnọso: Ụdịdị Na Ọnọdụ Ọdabere N'asụsụ Igbo**
**Comfort Nwuka Ezebuilo[1] & Christian Sopuruchi Aboh[2]**
Mahadum Naịjirịa, Nsụka, Steeti Enugu, Naịjirịa
**4. Nsogbu Ịkụzi Ụdaolu Igbo N'ụlọ Akwụkwọ Sekọndịrị**
**Ezema, Chinenye Anthonia**
Humanities Unit School of General Studies, University of Nigeria, Nsukka
**chinenye.ezema@unn.edu.ng**

# Ngụgharị *Amaechina* Nke G. I. Nwaozuzu

**Ezebube, Chinedu Chidiebere**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị Ọzọ
Mahadum Naịjirịa, Nsụka
chinedu.ezebube@unn.edu.ng
07030565592/08171253789

**Ụmịedemede**

Ọrụ nchọcha a mere ngụgharị ejije *Amaechina* nke G. I. Nwaozuzu dere. Ebumnuche ya bụ ịgbagha echemeche nke ụfọdụ ndị ọgụụ nakwa ekwumekwu ọkọakụkọ n'ejije *Amaechina* na ama Amaechina chiri. Ọrụ nchọcha a mere nke a site n'iji atụtụ Dikọnstrọnshọn nke Jacques Derrida chepụtara. O ji usoro 'agụm-ugbo-abụọ' ma mee ngụgharị ya bụ ejije. Site na nchọpụta nchọcha, a hụtara na n'agbanyeghị na Ibekwe tụwara Udumma ime, nwa ahụ Udumma dị ime ya bụ nke Amaechina ma ọ bụrụ na a tụlee ya site n'ịgbakwasị ụkwụ n'ihe omenaala ndị nabatara. Site n'inyocha usoro omenaala alụmalụ ndị Igbo, ekwumekwu Ibekwe nakwa akparamagwa na ekwumekwu Udumma, a gbaghara echiche na 'ama Amaechina chiri' n'ejije *Amaechina*.

**Mkpọlite**

Ọkankụzi Gabriella Ihuarugo Nwaozuzu edeela ọtụtụ agụmagụ. Akaraka ya n'ebe ide agụmagụ nọ pụtawakara ihe n'ejije na abụ. Ejije ndị o derela gụnyere *Ome Ihe Jide Ọfọ* (1991), *Ajọ Obi* (1998), *Nke M Ji Ka* (2005), *Eruru* (2009) na *Amaechina* (2014). Naanị otu akwụkwọ abụ nke naanị ya dere a kpọrọ *Akị na Ụkwa* (2015) ka o nwere, n'agbanyeghị na o nwegasịrị abụ n'ụyọkọ abụ Igbo nke ndị odeabụ ndị ọzọ chịkọbara. Nwaozuzu site n'agụmagụ nka ya ndị a na-ezipụta nsirihụụwa ndị Igbo, mgbanwe batarala n'obodo, ihe obodo nabatara nakwa nke ha na-agbarụrụ ihu. Iji kwado nke a, Nwadike (1992) kọwara agụmagụ dịka ọrụ nka nke sitere n'echiche ma bụrụ nke e si na ya egosipụta ma na-ahụ ndụ. Nke a pụtara na agụmagụ dị ka enyo, nke e ji ele ndụ na obibi ya.

Dịka agụmagụ na-enyocha ndụ, ọ na-arụtụ aka n'omenaala site n'izipụta usoro ndị si ebi ndụ ha. Agụmagụ na-emejupụta ihe ndị a site n'iji asụsụ rụọ ọrụ n'ụzọ nka. E kewara agụmagụ ụzọ atọ gbara ọkpụrụkpụ - iduuazị, ejije na abụ. Ọrụ nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ejije. Ejije, dịka Ikeokwu (2000) siri kọwaa, bụ emereme nke (onye) ndị mmee na-ejije agwa ma ọ bụ akparamagwa (onye) ndị ọzọ n'ihu ndị nkiri bụ ndị akaebe n'elu nkwago ma ọ bụ obom. Ejije nwere ike ịdị n'ụdị ndepụta, n'agbanyeghị na ụdị kacha mkpa e mebere ejije bụ maka mmepụta/ngosi.

Ọrụ nchọcha gbadoro ụkwụ na ngụgharị ejije *Amaechina* iji nye nkọwami gbasara echiche ndị dị na ya bụ ejije. Agụmagụ, dịka ọrụ nka, nwere ike inwe karịa otu nghọta. Nke a so n'otu ihe mere ntụle/nnyocha agụmagụ ji dị mkpa n'ihi na ọ na-enye aka eduba ndị ọgụụ n'ịmata ihe miri emi gbasara agụmagụ. Ọzọ, onye ntụle agụmagụ ga-agba mbọ lekwasị agụmagụ ọ na-atụle anya nke ọma iji chọpụta ụzọ dị iche iche ya bụ agụmagụ siri metụta ndị mmadụ, omenaala na usoro ebimndụ. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na ntụle agụmagụ nwere ike ibute arụmarụ ụka. Arụmarụ ụka a abụghị nke imegide ya bụ agụmagụ kpọmkwem, kama, ọ bụ isite n'echiche ụfọdụ ma ọ bụ asụsụ agụmagụ rụtụ aka ihe ndị ọzọ zoro ezo gbasara agụmagụ. Site na ya bụ arụmarụ ụka, e nwere ike inye nkọwa ma ọ bụ nchọpụta ma ihe ndị ahụ zoro ezo, ma ha a na-akwado ma ọ bụ emegide echiche odee ya bụ agụmagụ. N'ala Igbo, ọ bụrụ na mmadụ nwụọ n'amụtaghị nwa, a na-ahụta ya dịka ihe egwu. Abasili (2004) rụtụrụ aka na nke a ga-eme ka ama onye ahụ chie, ma bụrụ nke ma ndị dị ndụ, ma ndị nwụrụ anwụ ga-echefu. Nke gosiri na ndị Igbo bụ agbụrụ na-ejighi 'ama' ha egwu egwu. Dịka o si metụta ejije *Amaechina* nke G. I Nwaozuzu, ọrụ nchọcha a chọrọ ịmata n'eziokwu, ma ama isi agwa nọ n'ejije echiri ka ọ bụ na o chighị.

### Nkenke akụkọ gbasara ejije *Amaechina*

*Amaechina* bụ ejije Igbo nke a tọrọ ntọala ya n'oge agha. Chike na Egondụ mụtara naanị otu nwa – Amaechina. Egondụ achọghị ka otu nwa nwoke sonye na ya bụ agha. Nke a mere o ji kwanye ya ịlụ nwaanyị ngwa ngwa. N'ihi ihe oge wetara, Egondụ chọkwara ka Amaechina na nwunye ya bụ Udumma mụnye ya nwa; mana nke a abụghị ihe Amaechina chọrọ. Amaechina, na nke ya,

chọrọ ịga agha. Ọ bụrụ na ọ lọta agha, o nwezie ike ịmụba ụmụ. Site na mgba okpuru nke enyi Amaechina bụ Ibekwe gbara ya, Amaechina mechara gaa agha n'agbanyeghị mbọ niile Egondụ gbara. Chikwe, bụ nna Amaechina bụ ofeke mmadụ nke naanị ịṅụ mmanya bụ ihe ọ maara nke ọma. Chikwe na Egondụ mechara nwụọ n'oge agha. Ka agha biri, Ibekwe gobiri ndị ga-atọrọ Amaechina ma gbuo ya ka ha na-alọta agha n'ihi mmasị o (Ibekwe) nwere n'ebe nwunye Amaechina nọ.

Ka Ibekwe lọtara, ọ gwara Udumma na ọha obodo na ndị iro gburu Amaechina n'ụzọ ka ha na-alọta. O ji ohere ahụ kpọrọ nwunye Amaechina. Ka Chukwu si chọọ ya, ndị tọọrọ Amaechina egbughị ya, kama ha hapụrụ ya ma gwa ya onye kpara nkata ka e gbuo ya. Ka Amaechina lọtara, ọ chọpụtara na Udumma dị ime tinyere na ya na Ibekwe bizi. Nke a mere ka Amaechina gbuo Ibekwe ma gbukwaa onwe ya.

## Mkpalitere/nsogbu nchọcha

*Amaechina* dịka ejije Igbo bụ akwụkwọ e ji akụziri ụmụ akwụkwọ na-eme Igbo agụmagụ Igbo na Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka nakwa ụfọdụ ụlọ akwụkwọ dị elu na Naịjirịa. E ji ya bụ ejije kụziere ụmụ akwụkwọ ndị nọ n'afọ nke anọ, agba 2016/17 'Ejije Ọlọrọọhụrụ Igbo' nakwa ndị nke afọ atọ, agba 2017/2018 'Mkpọlite Ejije Igbo' na Nsụka. Na mkparịta ụka ọchọcha na ụfọdụ ụmụ akwụkwọ ndị a gbasara ejije *Amaechina*, ha na-ahụta ya na ebe ọ bụ na Ibekwe napụrụ Amaechina nwunye ya, ama ahụ nke Egondụ gbara mbọ ka ọ ghara ichi echiela.

Ọzọ kwa, Nwaozuzu dịka onye odee, ji nka 'ọkọakụkọ' rụọ ọrụ mgbaama n'ejije ya. Ọkọakụkọ n'ejije *Amaechina* na-enye ndubata n'omume ma ọ bụ emume nke ọ bụla. Ihe ọkọakụkọ kwuru na ngwụcha ya bụ ejije bụ nsogbu nke ọrụ nchọcha a na-eleba anya. Ọ sịrị:

> Amaechina! Egondụ lụtaara otu mkpụrụanya ya ji isi ụgwọ nwaanyị n'oge, ka ama ya ghara ichi. Ewo! Egondụ amaghị na osisi ga-adako adako, e gbugọdị ya

> n'ọdọ achara, ọ ga-adakorịrị. Amaechiela, ụzọ aghọọla ọhịa. Ihe agha mere …(107)

Site n'ekwumekwu ọkọakụkọ dị n'elu, ọ pụtara n'eziokwu, ama Amaechina echiela. Mana, site n'iji usoro dikọnstrọnshọn, ọrụ nchọcha a gbaghara echemeche na ama Amaechina echiela. Na nchịkọta, ebumnuche nchọcha a bụ ime ngụgharị ejije *Amaechina* ma gbaghaa echemeche nke ụfọdụ ndị ọgụụ na ọkọakụkọ nwere na ama chiri na ya bụ ejije.

**Ntụlegharị agụmagụ**

Ngụgharị dị oke mkpa n'agụmagụ n'ihi na ọ na-enye aka agba echiche dị omimi nke ndị ọgụụ nkịtị nwere ike, ha agaghị enwe ike achọpụta n'agụmagụ. Site na ngụgharị, ọchọcha nwere ike ịkwalite echemeche e nwere gbasara agụmagụ, ime mgbagha gbasara ụfọdụ echemeche, agwa ma ọ bụ akparamagwa dị n'agụmagụ ma ọ bụkwanụ ịkatọ echemeche e nwere n'ebe agụmagụ dị. Nke a kwadoro echemeche na agụmagụ ọ bụla enweghị otu nghọta n'ihi na nhụrụụwa, usoro echiche na nghọta ndị ọgụụ nwere ike ịdịwaga iche n'onwe ha. Nke a mere o ji dị mkpa ime ntụlegharị agụmagụ/ọrụ nchọcha ndị e merela dị ka o si metụta ngụgharị. Ọ ga-enye aka izipụta ohere ọrụ nchọcha chọrọ imechi.

Ikeokwu (2009) mere ngụgharị *Isi Akwụ Dara n'Ala* nke Tony Ubesie iji chọpụta etu jenda si arụ ọrụ n'agụmagụ. Iji mejupụta ebumnuche nchọcha ya, o ji atụtụ dikọnstrọnshọnizm nke Jacques Derrida mee ngụgharị iduuazị ahụ iji nye agwa Chike na Ada ohere ịzara ọnụ ha. Ikeokwu (2009) na ngụgharị, katọrọ ọtụtụ akpọmọnụ a na-enye agwa bụ Ada n'ihi ụdịrị agwa ọ kpara n'oge agha. Ọ rụtụrụ aka na n'agbanyeghị na ihe Ada mere adịghị mma n'anya mmadụ na Chukwu, ọ dị mkpa ịchọpụta na ọ bụrụ na Chike, dị ka di Ada mere ihe a tụrụ anya n'aka ya dị ka nna ezinaụlọ n'oge agha ahụ, Ada agaghị akpa agwa ọjọọ ndị ahụ ọ kpara. Ikeokwu (2009) ji nke a kwado echemeche ya na abụm nwoke ma ọ bụ nwaanyị bụ nke ihe oge wetara na ọnọdụ na-akụrụ nkwa. Ọ kọwara na nkwanye ugwu na nsọpụrụ Chike nwetara n'aka Ada tupu agha amalite bụ maka na o (Chike) mere omume ka nwoke. Oge agha malitere, ekweghị aga agha na enweghị ike inyeju ezinaụlọ afọ dị ka

nna ezinaụlọ mere ka Chike ghọọ nwaanyị e kechiri n'ahụ nwoke. Ikeokwu (2009:22) rụtụrụ aka na Ubesie, dịka onye odee, sitere na kọọnkọfe ya, chefuo onwe ya. O kwuru na "o chefuru na ọ bụ ya kpụrụ ma kee agwa Chike na Ada, tinyekwa omume, echiche na okwu n'ime ha. Ya mere, ihe ọ chọrọ ka anyị ghọta ka ọ gbara mbọ ime ka anyị ghọta, ma cheekwa echiche ka o si eche. Kama, ya na ndị ntụle na nnyocha ụfọdụ chefuru na agụmagụ ọ bụla nwere ngụgharị ma ọ bụ nghọtagharị, dịka anyị mere na nchọcha a." Na nchịkọta, Ikeokwu n'ọrụ nchọcha ya, na-akọwa na ikpe amachaghị Ada, kama, n'ụfọdụ ụzọ, ya bụ ikpe makwara Chike.

Ikwubuzo na Eze (2014) mere ngụgharị ejije ọdachi anọ nke Goddy Onyekaọnwụ dere iji gbagha echemeche ndị ọchọcha ụfọdụ na agwa ukwu ndị nọ n'ejije *Nwata Rie Awọ*, *Eriri Mara Ngwugwu*, *Ụwa Ntọọ* na *Ọkụ Ghara Ite* bụcha odogwu ọdachi. Ha gbaghakwara echemeche na agwa ukwu ndị ahụ gbasoro usoro ọdachi nke Aristotle. Iji kwado nke a, Ikwubuzo na Eze (2014) mere nkọwa na mkpọwa onye e nwere ike ịkpọ 'odogwu,' 'ọdachi,' nakwa 'odogwu ọdachi' n'ejije. Ha kọwara na ọ bụrụ na a tụlee onye Aristotle rụtụrụ aka dịka odogwu ọdachi, a ga-aghọta na ọ bụ mmadụ dị ka mmadụ nkịtị, nke ihe mberede/ọdachi dakwasịrị ya abụghị maka na ọ bụ agwa uhie, kama maka obere mpachọ o nwere n'agwa ya. Ọ kọwara na ọ bụ ọdịda onye dị etu a na-eweta mmetụta n'obi, ebere nakwa ụjọ n'ebe ndị ọgụụ nọ. Ha jikwa ohere ahụ zipụta ndịiche dị n'etiti ọdachi Aristotle na nke Shakespeare. Na nchọpụta ha, ha chọpụtara na agwa dị ka Awọrọ, na *Nwata Rie Awọ* ekwesịghị ka a kpọọ ya odogwu ọdachi dịka ụfọdụ ndị ọchọcha na-eme. Nke a bụ n'ihi na ụfọdụ akparamagwa Awọrọ n'ejije ahụ; dịka ịbụ mkpi na-agbara ọha ehi, itinye ọgwụ na nri nke ya, nakwa irefu nwa ya nwaanyị ma mechaa lụrụ ya n'amaghị ama abụghị ihe e ji ama odogwu. Ikwubuzo na Eze (2014) kọwara na Awọrọ bụ naanị agwa uhie nke nhịahụ/nsogbu ya bụ nke sitere n'aka ya. Ha kwuru na ịkpọ Awọrọ odogwu ọdachi maka ọnọdụ ya dịka ọka mgba obodo erijughị afọ. Ha katọrọ echemeche na ọnwụ Awọrọ n'ejije ahụ na-eweta mmetụta obi ụjọ n'ihi na Awọrọ, dịka agwa kpara agwa ọjọọ natara ntaramaahụhụ ruuru ya. Ikwubuzo na Eze (2014) n'ọrụ nchọcha ha rụtụrụ aka na agwa ukwu dị ka Awọrọ, Ebubedike na Orieji Okwundu n'ejije Onyekaọnwụ abụghị odogwu ọdachi, kama, ha bụ agwa ọdachi nkịtị ma ọ bụ agwa agwa uhie. Nke a bụ

n’ihi na ọdịda agwa ndị ahụ esiteghị na mpachọ dị n’agwa ha, kama o sitere n’agwa ọjọọ e ji mara ha n’ejije ndị ahụ.

Ọrụ Ikeokwu (2009) na nke Ikwubuzo na Eze (2014) gbadochara ụkwụ na ngụgharị agụmagụ Igbo. Ebe nke Ikeokwu (2009) gbadoro ụkwụ n’iduuazị, nke Ikwubuzo na Eze (2014) gbadoro ụkwụ n’ejije Onyekaonwu. Myiri dị n’etiti nchọcha ndị a atụlegharịrị na nke a na-eme ugbu a bụ na ha niile lebara anya na ngụgharị agụmagụ Igbo. Ebe nke Ikeokwu (2009) nyochara iduuazị iji zipụta na ikpe mara ma Chike ma Ada n’*Isi Akwa Dara n’Ala*, nke Ikwubuzo na Eze (2014) nyochara ejije ma gbakwasị ụkwụ na mgbagha odogwu ọdachi n’ejije anọ nke Goddy Onyekaọnwụ, ọrụ nchọcha a na-eleba anya n’ejije *Amaechina* iji gbaghaa echemeche na ama Amaechina chiri.

**Atụtụ njiarụọrụ**

Atụtụ njiarụọrụ nchọcha a bụ atụtụ Dikọnstrọnshọn, nke sitere n’echemeche Jacques Derrida. E wezuga Jacques Derrida, ndị ọzọ a maara n’atụtụ a gụnyere Roland Barthes, Jacques Lacan na Michel Foucault. Atụtụ dikọnstrọnshon sitere na poststrọkchọralizm. Nke a mere oge ụfọdụ, e nwere ike iji dikọnstrọnshọn nọchite anya poststrọkchọralizm (Goring, Hawthorn & Mitchell, 2011 na Dobie, 2012). Dịka Li na Cheng (2011) siri kọwaa, atụtụ dikọnstrọnshọn na-eme ngụmi agụmagụ iji gosipụta na agụmagụ enweghị otu nkọwa/nghọta. Echemeche a megidere atụmatụ ndị Strọkchọralizm, ndị kwenyere na agụmagụ nwere otu nkọwa/nghọta. Ọ dịkwa mkpa ịrụtụ aka na nghọta agaghị adị ire ma e wezuga ọnọdụ.

Ọrụ nchọcha a gbasoro usoro Derrida, nke ọ kpọrọ ‘agụm-ugbo-abụọ’ (Dobie, 2012). Nke a pụtara na ọgụụ ga-ebu ụzọ gụọ agụmagụ n’usoro ọdịnaala/nkịtị iji wepụta nghọta izugbe onye ọ bụla gụrụ agụmagụ ahụ na mbụ ga-enwe. Nke a bụ ọgụgụ nke mbụ. N’ọgụgụ nke abụọ, ọgụụ ga-agba mbọ ịgbagha nghọta sitere n’ọgụgụ nke mbụ iji zipụta na ọgụgụ nke mbụ, n’ụzọ dị aṅaa, ghagidere onwe ya. Ọgụgụ agụmagụ n’ụzọ nkịtị na-agba mbọ iwepụta nghọta maka agụmagụ mana ọgụgụ agụmagụ n’ụzọ dikọnstrọnshọn metụtara ajụmajụjụ, nke na-achọ igosipụta na ihe agụmagụ na-ekwu dị iche n’ihe ọ na-akọwa. Dikọnstrọnshọn

metụtara ngụgharị agụmagụ iji degharịa ya ma gbaghaa echemeche nghọta nkịtị agụmagụ nwere. Nchọcha a ga-eme ọgụgụ *Amaechina* nke G. I. Nwaozuzu site n'igbaso usoro agụm-ugbo-abụọ nke Derrida iji gbaghaa echemeche na ama chiri n'ejije *Amaechina*.

**Nnyocha agụmagụ n'uju**

N'ebe a, ọchọcha ga-arụtụ aka n'ihe ndị ọ hụtara mere ngụgharị *Amaechina* ji dị mkpa site n'iji usoro agụm-ugbo-abụọ nke Jacques Derrida wee rụọ ọrụ. Ihe ndị a bụ ihe ndị ọ hụtara gbaghara echemeche nke mbụ e nwere na ama echiela.

**Usoro omenaala alụmalụ ndị Igbo**

Ndị Igbo bụ ndị ejighị alụmalụ egwu egwu. Ha na-akpọ ya mkpa. Ekwealor (1998) kọwara alụmalụ dịka njikọta nwoke na nwaanyị dịka di na nwunye ka o siri dị n'omenaala, nke ga-eme ka ụmụaka a ga-enweta na njikọta ahụ bụrụ nke obodo nabatara. Otu n'ime ihe dịkarịsịrị mkpa ndị mmadụ ji aba n'alụmalụ bụ ọmụmụ. O nweghị ihe e nwere ike iji tụnyere ọmụmụ n'ala Igbo. Nke a kpatara na ọ na-echu onye Igbo ọ bụla ụra ma ọ bụrụ na nke a esiere ya ike imepụta. Ndị Igbo na-ezipụta nke a n'uju site n'ụdịrị aha ha na-agụ ụmụ ha. Ọmụmaatụ gụnyere aha dị ka Nwakaego, Nwabụwa, Gịnịkanwa, Nwaamaka na Madụka. Ndị Igbo site n'aha ndị a na-ezipụta nkwenye ha nwere n'ebe nwa dị. Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na ndị Igbo nwere nkwenye dịgasị iche iche gbasara nwa.

Ekwealor (1998:22) rụtụrụ aka na otu n'ime nkwenye ndị Igbo gbasara nwa bụ na nwa abụghị ihe otu onye nwe. Ọzọ, ndị Igbo kwenyekwara na nwa, tụmadị nwa nwoke, na-eme ka ama ghara ichi. N'*Amaechina*, Egondụ gbara nnukwu mbọ ịhụ na nwa ya nwoke bụ Amaechina lụrụ nwaanyị n'oge. Amaechina rụtụrụ aka na nke a oge ọ sịrị nne ya:

> Agwara m gị ka i chetụ n'ihi na ọ dịghị onye ma ebe agwọ anyasị a bụ agha dowere isi. M ka na-ekwu, i bugalarịị mmanya ịkụ aka, sị m na agha gahụ ebi. Ugbu a, gịnị mere? (16-17).

Nke a pụtara n'eziokwu, na ọ bụ Egondụ kwanyere nwa ya ịlụ nwaanyị n'oge n'ihi agha iji hụ na ama di ya agaghị echi. Ọ pụtakwara na a lụrụ Udumma nke ọma, n'usoro omenaala. N'agbanyeghị mbọ niile Egondụ gbara, ekwumekwu ya nye Amaechina n'omume nke mbụ, ngosi nke abụọ mechara bịa na mmezu. Ọ sịrị ya:

> … Amaechina mụnye m nwa. Onye arachaghị ọnụ n'ụgụrụ na-eche ka ụgụrụ kwụsị ka ọ rachaa ọnụ ya, ụgụrụ nwekwara ike rachaala ya ọnụ ahụ (17)

Okwu a dị n'elu bụ nke jupụtara na mbụrụ. Odee Nwaozuzu ji mbụrụ 'ụgụrụ' nọchie anya 'agha' na 'Ibekwe' n'ihi na ka agha biri, Ibekwe, site n'ụzọ aghụghọ, ghọọrọ ụgụrụ ma rachaara Amaechina ọnụ ya (Udumma). N'agbanyeghị na Ibekwe tụwara Udumma ime, ọ dị mkpa ịrụtụ aka na e nweghị ebe a hụtara na Ibekwe mere ihe n'isi Udumma dị ka Amaechina siri mee. Ọ bụrụ na a gbaghaa ya na Ibekwe lụgharịrị Udumma, ajụjụ ga-abụzi, 'kedu onye Ibekwe nyeghachiri isi akụ nwaanyị Amaechina mere n'isi Udumma oge ọ lụrụ ya dị ka nwunye n'usoro omenaala?' Omenaala Igbo kwenyere na ọ bụrụ na mmadụ achọọ ịlụghara nwaanyị mmadụ lụburula, ọ ga-agba mbọ kwụghachi di nwaanyị nke mbụ, isi akụ nwaanyị o mere n'isi nwaanyị ahụ iji mee ka nwaanyị ahụ ọ chọrọ ịlụ bụrụ onye na-enweghị ihe ga-egbochi ya ịlụ di. Ọ bụrụ na e mee nke a, ọha obodo ga-anabata nwoke ahụ ịlụrụ ya bụ nwaanyị gaa n'ihu ebe ọ bụ na e gbubiela ụdọ mmekọrịta dị n'etiti nwaanyị ahụ na di mbụ lụrụ ya. Chikwe na Egondụ, bụ nne na nna Amaechina nwụchara n'oge agha, nke mere na ọ ga-ahịa ahụ inweta ndị ga-anataghachi isi akụ nwaanyị Udumma n'ọnọdụ Amaechina.

## Ekwumekwu Ibekwe n'*Amaechina*

Iji kwado ihe e kwuburula n'elu, ekwumekwu ụfọdụ Ibekwe kwuru n'ejije *Amaechina* zipụtara na ama Amaechina echibeghị. Oge Ibekwe lọtara agha ma kwuo na ndị iro egbuola Amaechina, nke a wutere Udumma nke ukwu. Oge ọ jụrụ Ibekwe ihe di ya kwuru tupu ọ nwụọ. Ibekwe sịrị ya:

> Ị makwa na, ebe ahụ m zoro, ka ha na-ebepụ ya isi, ihe ọ na-ebe bụ “Ibekwe, ebe ọ bụla i zoro, chetakwa leziere m Udumma anya ma ị laruo na ndụ. Ibe ahapụkwana Udumma (93)

Ekwumekwu Ibekwe a dị n’elu pụtara na Amaechina rịọrọ ya ka o lekọtara ya nwunye ya. Nke a nwere ike ịpụta ilekọta ya ka ama ya (Amaechina) ghara ichi. N’otu aka ahụ, Ibekwe gwakwara Udumma ‘abụ m Amaechina, Amaechina bụ m’ (93) nakwa ‘Ama anwụọla ma Ama ka dị ndu.’ Ọ bụrụ na e were ya na Ibekwe kuchiri Udumma dịka nwunye, ọ gaghị adaba n’ihi na Ibekwe na Amaechina abụghị nwanne. Ekwealor (1998:47) kọwara nkuchi nwaanyị dịka:

> Nke a pụtara nwanne nwere ike iweghara nwunye nwanne ya nwụrụ anwụ. Otu aka ahụ kwa, nwa nwere ike iweghara nwunye nna ya ma nna ya nwụọ. Tupu e mee nke a, a na-aga be nna nwaanyị ahụ meekwa omenaala ụfọdụ. Alụmdi na nwunye dị otu a ga-eme ka ụmụ a mụtara ka e kuchichara nwaanyị ahụ dịịrị nwoke ahụ kuchiri ya.

Iji kwado nke a, Igbo (2012) kọwara na ọ bụrụ na e kuchie nwaanyị ma ghara ime omenaala metụtara nlụgharị (ịtụgharị nkwụ na mmụọ), nwoke ọ bụla lụrụ nwaanyị ahụ ga-abụ di-akwụ-ụgwọ. Nke a pụtara na nwa/ụmụ ọ bụla sitere na mmekọrịta ahụ ga-abụ nke nwoke nwụrụ anwụ. Igbo (2012) kwuru na a naghị eji nwoke mụtara nwa/ụmụ ndị ahụ akpọrọ ihe n’omenaala Igbo, kama ọ bụ nwoke nke dịka omenaala si chọọ, mere ihe n’isi ya bụ nwaanyị ma nwụọ ka a na-ewere dịka nna nwa/ụmụ dị ahụ. Ibekwe, iji ghọrịa Udumma, gwara ya na Amaechina rịọrọ ya ka o lekọta ma kasie ya obi. N’omume nke isii, ngosi nke abụọ, ọ gwara Udumma, ‘ọ kwa m gwara gị ihe Amaechina kwuru oge ọ na-anwụ. Nyenụ m ohere ka m mejupụta ya, ka obi dị yam ma n’ala mmụọ’ (93).

**Akparamagwa na ekwumekwu Udumma n’*Amaechina***

Akparamagwa na ekwumekwu Udumma n’*Amaechina* zipụtara n’ebe ọ dị ukwu na o kwenyere na di ya, Amaechina ka dị

ndụ. Otu n'ime ụzọ nke a si pụta ihe bụ na n'agbanyeghị ihe niile Ibekwe gwara Udumma, o nweghị mgbe o si na be Amaechina pụọ. Ọ gwara Ibekwe:

> Ị mara n'eziokwu na enyi gị nwoke sị gị letewe m anya, ị bịawanụ be ya. Achọghị m ịhapụ be di m, ọ dị ndụ ma ọ nwụrụ anwụ (95).

Udumma n'ebe a zipụtara obisike o nwere. N'otu aka ahụ, ọ rụtụrụ aka na ọ chọghị ịhapụ be di ya. Nke a gosiri na Udumma weere Amaechina n'ebe ọ dị ukwu, ka di ya n'agbanyeghị na 'ọ nwụọla'. N'oge niile Ibekwe na Udumma nọrọ, o nweghị mgbe o jighị akpọtụ Amaechina. Nke a mere ka o wute Ibekwe n'ebe ọ dị ukwuu n'ihi na o chere na izu ọjọọ ọ gbara megide Amaechina ga-eme ka Udumma chefuo ya (Amaechina). Mkparịta ụka dapụtara n'etiti Ibekwe na Udumma n'omume nke isii, ngosi nke anọ ga-enyere anyị aka ịghọta nke a nke ọma:

Ibekwe: (Na-emetụ Udumma aka n'imi) Mma m, ọ-ọ gịnị mere oge niile mụ na gị nọrọ, ị na-akọ naanị maka Amaechina, Amaechina. Agwala m gị chefuo Amaechina, ọ nwụọla.

Udumma:Ibe, kedu ka m ga-esi chefuo di m? Ọ - kwa ị …

Ibekwe: Ị bịakwa. Onye bụ di gị? Amaechina anwụọla. Kedu ka obere nwa dịka gị ga-esi bido n'afọ iri abụọ na otu ị dị kwawa di? Ọ bụ na ị nabataghị m? M meere gị elu, mere gị ala, ihu anaghị adị gị mma. Ama m na…

Udumma: Ibe, ọ bụghị na m na-ewesara gị iwe. ka Chi m m na-ewere iwe.

Ibekwe: Ọ dị mma (kpọlite Udumma n'oche, kuru ya) Lee anya site taa gawa, achọrọ m ka ị hapụ ịkpọ Amaechina oge niile. Ị na…

Udumma: Ibe, nke ahụ gakwa ahịa ahụ - o. Kedu ka m ga-esi echefu ịkpọ ya? Ọ bụghị ya lụtara m? Ị ma na m hụrụ …

Ibekwe: (Mee Udumma aka n'ọnụ) shii ama m, ma ọ nwụọlanụ. Lee m anya, ahụrụ m gị n'anya karịa etu Amaechina siri hụ gị. Nabata ịhụnanya m (101-102)

Otu n'ime ihe ndị e nwere ike ịchọpụta n'ekwumekwu a dị n'elu bụ na Udumma ahụtaghị Ibekwe dịka di ya. Ọzọ kwa, tupu ngosi a, Udumma adịrịla Ibekwe ime, mana Ibekwe, dịka e si gosipụta ya ebe a ka na-arịọ Udumma ka ọ nabata ya. Nke a pụtara na dịka o si metụta uche-ime-mmụọ Udumma, Amaechina bụ di ya. Ajụjụ ikpeazụ ọ jụrụ Ibekwe nyekwaara aka ịkwado echemeche ndị e zipụtarala n'elu. Ọ jụrụ ya - *Ọ bụghị ya (Amaechina) lụtara m?* (102). Nke a gosiri na dịka o si metụta omenaala Igbo, Ibekwe abụghị di Udumma n'agbanyeghị na ọ tụwara ya ime. Ibekwe n'onwe ya ghọtara nke a n'ihi o ji aka ya kwuo na ya onwe ya bụ manejimenti (102).

Ka Amaechina si n'aka ndị iro Ibekwe gobiri ka ha gbuo ya lọta, ihe ọ hụrụ gbagwojuru ya anya n'ihi na Udumma dịịrị Ibekwe ime. Na ngosi ahụ, Udumma gara n'ihu ịkpọ Amaechina 'di ya.' Oge Amaechina jiri obi mgbawa na ọnụma gbuo Ibekwe nakwa onwe ya, Udumma dadoro Amaechina ma na-akwagharị ya (106). Nke a gosipụtara mmetụta obi o nwere n'ebe di ya nọ.

**Nchịkọta**

Site n'ihe ndị e nyochara, ọ dị mkpa ịrụtụ aka na, n'agbanyeghị na Ibekwe tụwara Udumma ime, onye nwe nwa ahụ ọ dị ime ya n'usoro omenaala ndị Igbo bụ Amaechina. Ejije *Amaechina* bụ ejije Igbo, nke a tọrọ ntọala ya n'ala Igbo. O kwere nghọta na Udumma nyere Ibekwe onwe ya n'ihi asị ọ sịrị na Amaechina anwụọla ma gwa ya ka o lekọta ya (Udumma) anya. Ebe ọ bụ na Ibekwe akwụghachighị isi akụ nwaanyị Udumma, e nwere ike ịsị na nwa ahụ Udumma dịịrị ya ime ya bụ nke ya? Ọ bụrụ na e kwenyere nke a, ị mara na ọ bụ ịhapụ omenaala Igbo, mewe omeneelu. Dịka o si metụta Tamar na Judah (Jenesis 38) n'akwụkwọ nsọ, Abasili (2011) mere ka a mara na, n'agbanyeghị na Judah tụwara Tamar ime ka ọ mụọ ejima nwoke abụọ, ụmụ ejima ndị ahụ bụ nke di ya (Tamar) mbụ bụ Er. N'ihi nke a, ejima ndị ahụ abụghị ụmụ a jụrụ ajụ.

Ọ dịkwa mkpa ịrụtụ aka na Udumma anwụghị na ya bụ ejije. Nke a gosiri na ọ ga-amụ nwa ahụ ọ dị ime ya. Ọ bụrụ na ọ mụọ nwoke, ya bụ nwa nwoke ga-anọchi anya ama Amaechina. Ọ mụkwaanụ nwaanyị, e nwere ike ịhachi ya iji hụ na ama Amaechina echighị.

**Nrụaka**


Abasili, A. I. (2004). *Resolving the dilemmas of life: Way out when there seems to be no help and hope*. Enugu: Snaap.

Abasili, A. I. (2011). Seeing Tamar through the prism of an African woman: A contextual reading of Genesis 38. *Old Testament Essays*, *24*(3), 555-573.

Dobie, A. B. (2012). *Theory into practice: An introduction to literary criticism* (3rd edition). Louisana: Wadsworth Cengage Learning.

Ekwealor, C. C. (1998). *Omenala na ewumewu ndị Igbo*. Onitsha: Palma Publishing & Links Ltd.

Goring, P., Hawthorn, J. & Mitchell, D. (2011). *Studying literature* (2nd edition). London: Bloomsbury Publishing Plc.

Igbo, P. C. (2012). *Elements of Igbo culture and tradition*. Onitsha: Elite Publishers.

Ikeokwu, E. S. (2000). The traditional Igbo drama and theatre: Issues and concepts. *Jakadiya: A Journal of Researches in African Languages and Literature, 2*(2), 80-93.

Ikeokwu, E. S. (2009). Akara ikom na akara inyom: Ngụgharị *Isi Akwụ Dara n'Ala*. *Jọnal Mmụta Igbo*, *4*(1), 15-23.

Ikwubuzo, I. & Eze, E. (2014). Revisiting the question of tragic protagonist in Onyekaọnwụ's plays. N'ime N. Nnyigide, R. Ezeuko, N. Nwokoye & J. Eyisi (Odz.), *The eagle of Igbo literature: A festschrift in honour of Prof. G. O.*

*Onyekaọnwụ (Etigbuchaa eziokwu)* (ihu 9-25). Nimo: Rex Charles & Patrick Publications.

Li, X & Cheng, S. (2011). The analysis of translators from the perspective of deconstruction. *Asian Social Science*, *7*(5), 258-262.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala agụmagụ*. Nigeria: Ifunanya Publishers.

Nwaozuzu, G. I. (2014). *Amaechina*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

**Abụ Igbo Na Mmepe  Ala Naijiria.  Nnyocha Abụ *Akọ na Uche* nke Echebina dere.**

Oluchi Nebolisa na Blessing Onwubie
Ngalaba Asụsụ Igbo.
Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri, Imo State.

**Ụmịedemede**

Abụ Igbo bụ ọrụ nka nke e tinyere n'asụsụ di ọgọ, hazie n'usoro pụrụ  iche, bịa nwee echiche miri emi, ma na-emetuta n'ahụ na n'obi .Echiche na mmetutaobi nke abụ nwere, nwere ike ịbụ mmetutaobi iji gosipụta ọnodụ mmegbu, nchekwa, ịdịnaotu, ndidi na mmepe. Dịka ngwaọrụ kachasị dị mkpa, abụ na-ejikọta mmadụ niile ọnụ ma mee ka e nwee ezi nchekwa, ịdịnaotu na mmepe n'obodo. Nke a bụ ka odee maọbụ ọkpọabụ siri jiri asụsụ wee rụọ ọrụ. Nchọcha a lebara anya n'ihe abụ pụtara, ụdịdị abụ, uru abụ bara, asụsụ ọkpọabu na ka abụ si akwalite idinotu, nchekwa na mmepe nke ala Naịjịrịa.Nchọpụta gosiri na e nwere ọnọdu ọjọọ dị iche iche a na-ahụ n'ala Naịjịrịa dịka igbu ọchụ maọbụ ịkwafụ ọbara, mkpọrita asị nke ndị otu ekpemekpe dị iche iche na enweghị ezi nchekwa. Nchọcha achịkọtakwara na site n'abụ na ọnọdụ ọjọọ ndị a, a na-ahụ n'ala Naijiria ga-ebelata, ma mekwaa ka e nwee udo, ndidi, obi mgbaghara, ịdịnaotu na mmepe. N'ikpeazụ, onyenchọcha tuzikwara aka, ka ndị otu ekpemekpe dị iche iche n'ala Naịjịrịa, jiri abụ na-enye nkuzi n'ụlọ ekpemekpe ha. Nke a ga-eme ka ndị mmadụ chegharịa ma bịakọta ọnụ dịka ụmunne, n'agbanyeghi  asụsụ onye, wee tụọ alo ka ihe ga-esi kawaye mma n'ala Naijịrịa.

**Okwu Mmalite**

Agumagu Igbo malitere mgbe ndi Igbo malitere. Na mbido, o bụ n'ọnụ nkiti ka a na-agu ya. N'ime ya e nwere abu, akuko na ejije. Ndi Igbo na-esite n'agumagu ha n-egosiputa usor ebimndu ha nakwa ka ha siri huta uwa. Ha na-egosiputa ngalaba agumagu a, n' anodu di iche iche ha na-ano na ndu ha.

Ka e wee nwee udo, agamanihu, idinaotu na mmepe na ala Naijiria. Agumagu bu ezigbote ngwaom a ge-eji nweta ihe ndi a. nke a bụ n'ihi ha agumagu, na-enye aka n'ime ka mmadu kwuwapụ okwu n;oha na-emeghi ihere ọbula iji gosiputa echi che bu nke nwere ike ibu iwe, mmegbu, enwegh nchekwa dzg.

N'ala Najiria, e nwere otụtụ obodo n'ime ya bụ nke mejupụtara ala Najiria. Obdo ndi ahu rụru nar anọ ọnụ ọgụgụ (400). N'ihi na e nwere ọtụtụ obodo mejupụtara Naijira ime ka obi mmadu nile buru out ọ kachas n;ihe gbasara ndọrọ ọchchi biara sie ike n'ihi na obodo ọbula na-achọ ala Naijra. ọ bụ n'ebe a ka agumagu batara iji jikọta mmadu nile ọnu, na mee ka ndi mmadu ghọta na n'agbanyeghi obodo maobu asụsụ onye na-asu, na ọ bụ anyi nile so mejupụta ala Naijira.

Akinlabi na ndi otu ya (2016:103) kwuru n'ihe e jiri webata ọmụmụ agumagụ ogo, agụm akwukwọ di iche iche bu ka ọ wee nye aka n' ijikọta mmadu niile ọnụ iji weta udo, idinaotu, nchekwa na mmepe ka ala Naijiria. Nke a pụtara na agụmagụ na'akwalite udo na idinaotu nke Naijra ma mekwa ka nd mmadu ghara d na-achọz naan nke onwe ha kara cho etu ọhanaeze ga-esi nwee agamnihu. Agụmagụ ga-emekwa ka ndi mmadu belata aka n'ibukọrọ akụnaụba nke ohanaeze new naa ha kama ndi mmadu ga-amalitezi cho ihe ha ga-emere Ohanaeze ka e nwee agamihu n'ala Naijra.

Agụmagụ nwere ngalaba atọ; abụ, akụkọ na ejije. Nwara (1989:) kwuru na "ọmụma abụ ge-enye aka mee ka e enwee udo na idinaotu n'ala Naijra n'ihi na onye ọbụla ga-e were onye  Naijra ibe ya dka nwanne ya. Ala naijr ba mba ọ na-amasi mgbe niile, ka agbụm nile din a ya dkọọ n'out, ma na nkewa na ikpa oke na-eme ka ebumnobi a ghara mta mkpụrụ.

Nchọcha a, na-atụ alo ka nd isi ọchch ala Naijra n and out ekpeme kpe di iche iche jiri abụ na enye nkuzi ha di iche iche. Nke a ga-eme ka ndi mmadu obi mgbahara, udo, nchekwa na idinaotu. ọ bụrụ na ọnọdụ di out a ad, nke a ga-ebute mmepe di elu n'ala Naijra.

Abụ Igbo di ụzọ abụọ; ha bụ abụ ọnụ na abụ ederede. Abụ ọnụ bụ ndi ahụ a na-akọ n'ọnụ nkiti.

Chukuezi (1988:4) kwuru na abụ ọnụ bụ ụd abụ nwere ike na-akọ maka ndụ ebiri ebi, emume d iche iche ndi mmadu ba-eme na egosi etu ndi mmadu siri mabata maọbụ jụ out echiche maọbụ ibe ya" Abụ ọnụ metutara ọnọdụ niile ma ọnọdụ ọma ma nke ọjọọ. ọ bụ ihe nd echiche ha gbasara ụwa. N' age ugba a, abụ ọnụ na'alaghachizi azụ n'ihi na ndi mmadu enweghizi mmasi na ya. ndi ọkpọabụ na –ahiazikwa ahụ inwete n'ihi na o nweghizi onye na-ege abụ ọnụ. Ihe onyonyoo nd ọche ma foonu dgz. Ewerela ọnọdụ abụ ọnụ Igbo.

Abụ ederede bụ abụ ndi ahụ e deturu edetu n'akwụkwọ. N'ụdị abụ a, a maara onye dere ya na onye ya.

Echebima bụ odee abụ Igbo. ọ bụ ode aka siri ike n'ihe gbasara abụ Igbo. Ọ bụ onye ode ọ na-amas n'iji abụ mee ka ọgụụ huta ihe na-eme n' ụwa n'ụzọ d iche iche. Echibima bụ onye Egbu-Owerri di n'Imo State. ọ bụ ezigbo onye nkuzi kuzirila na nnukwu ụlọ akwụkwọ d iche iche ma dekwa ọtụtụ akwụkwọ ngugu. ọ bụ onye asụsụ igbo doro anya nke ọma. Onye obula na-agu akwụkwọ ghagh hu ụtọasụsụ, okwu chara ahca, amamihe, mkpughe na ezi akọ na uche nke jupụtara n'ime ya.

**Mmepe Ala Naijra**

`Naijra bụ obodo nwere ọtụtụ omere asụsụ na ekpemekpe di iche iche. Kemgbe afọ (1960) Naijra nwechara onwe ha, mmepe nke ala Naijra bụ aka nake na-achi  ndi mmadụ ụra, mana ikpa oke, ọgbaghara na kwafu ọbara dzg. nke ndi mmadu n'ibe ya, nke nsi out ekpemekpe di iche iche, nke out agburu na ibe ya na-eme ka ebumnobi Niajra gbaa mta ezi mkpụrụ. Ala Naijra nwere ato kacha pụtakarcha ihe n'ime ya; agbụrụ nd ahụ bụ Awụsa, Igbo and Yorụba. Agbụrụ niile nd a nghwputere ala Niajra olile anya mgbe niile oge naijra ga-esite ndụ ochie benye ndụ ọhụrụ.

Mmepe bụ mgbe mmadụ, obodo, mba, agbụrụ sitere na ndụ ochie wee banye na ndu ọhụrụ, sitekwa n'omume ọjọọ wee banye n'omume ọma.

Dike (2008:38) kọwara mmepe dika mmadụ maọbụ sitere na ndu ochie wee banye na ndụ ọhụrụ maọbụ omume ọhụrụ" ndụ ochie a, nke a gbanwere bụ nke a tụrụ anya na o ga-enweiri ihe oma ya nay a so bụ aka e jiri dechie anya ihe ọjọọ. Ndụ ọhụrụ maọbụ

omume ọhụrụ a ka a tụwara anya na ọ ga-eme ka ụwa diwagara nd mmadu mfe n’obibi.

Mmepe abụghị naanị iru ihe a na-ahụ anya dịka iru ọku letrik, pomp mmiri, iru okporo ụzọ, ụlọakwụkwọ na ihe ndị ọzọ. Mmepe ike kacha mkpa bụ mmepe nke mgbanwe echiche na akpamagwa nd mmadụ adhgh mma ma mee ka ha chee echiche n’ụd kachs mma ga-eweta udo na aga m n’ihu nyere onye ọbụla n’obodo. Akidi (1013:178) kwuru na ọ bụ eziokwu na mmepe nwere ike idi n’mpaghara niile dika ọrụ ugbo, agụmakwụkwọ, izu aha, nkanuzu, dzg. o kwuru na n;ime mpahara niile nd e nwere ike inwe mmepe nay a ma na mmepe kaches baa uru bụ mmepe nke mmadụ siste n’omuma  ọjọọ ya gbanwee wee mewe omuma oma. Nke a pụtara na ihe kachasi di mkpa na mmepe bu “echiche”. ọ bụ na n’echiche mmadụ ka ihe ọma maọbụ ihe ọjọọ na esite apụta. ọ bụrụ na nd mmadụ eụhezie echiche nke ọma, nke ga-eweta ihe ọma di iche iche ma chefuo omume ọjọọ, ihe abakwa diiri nd mmadụ mfe, ndụ atọwakwa onye ọbụla ụtọ. Mgbe ọnọdụ di etu diiri, mmepe ga-adikwa. Ka e wee nwee mmepe tọrọ atọ n’ala naijrra, abụ Igbo di ezigbo mkpa n’iji mee nke a n;ihi na abụ na-eji ụzọ doro anya kuziere ma gbaziri nd mmadu ụzọ kachas mma ha ga-esi ebi ndụ ha. Ekwealor (2009:22) kwadoro nke a mgbe o kwuru ka “abụ bụ okwu dere ede na-eji nwayọọ edeba n’obi”. Ihe na-eme ha abụ baa ndi mmadu n’obi ma nye echiche etu a tụrụr anya bụ  asụsụ ode  abụ. Odee na-ewere nhọrọọkwu kacha mma ji mee ka abụ ya metụ ọgụụ n’obi. ọ bụ site n’ikpechapụ anya n’họrọ okwu kwesiri ma debakwaa adaba site na ka ọnọdụ siri dig a-eme ka ọgụụ maọbụ ndi na-ege nti tulee okwu ndi ha nụrụ n;uche ha ma kpebie n’igbanwe agwa ọjọọ dika kwafụ ọbara , ohi na ọgbaghara di iche iche ma nabata mmekorita, idinaotu, mgbaghara dzg. ọ bụ na ọnọdụ di etu ad, nje a ga-eweta mmepe di elụ n’ala Naijra.

## Abụ Igbo

Abụ Igbo abụ ndi ahụ d ọkpụ, nke malitere mgbe ndi Igbo malitere. Na mbu, ọ bụ n’ọnụ n kiti ka ana-agụ ya. ọ bụkwa site n’aka fere aka ka ọ siri rute anyi aka. Abụ di ụzọ abụọ, abụ ọnụ na abụ ederede. Abụ ọnụ bụ  abụ nd ahụ a na-agụ naani n’ọnụ nkiti, bụ nke e detugh edetu n’akwụkwọ. A maghi chepụtara ha, a maragodu ka oga na-aga, a na-echefu ha.

Abụ ederede bụ abụ nd ahụ e detụrụ edetụ n’akwụkwọ. Nwadike (1992:34) kwuru na abụ ederede Igbo dka iduuazi na ejije ederede, ebidigh oge. N’agbanyegh na ọtụtụ ndi mmadu e deela abụ na onwe ha. O kwuru na abụ Igbo aputaghi n’oge genye n’afo 1975 bụ mgbe Ekechukwu chikọtara abụ iri issi na ise (65) kpọọ ya “Akpa uche” nke ndi “Offord University press bipụtara”.

**Abụ agụmagụ.**

Abụ ọbụla dị n’akwụkwọ bụ agụmagụ ka ọ bụ. Emenanjọ (2013:10) kọwara abụ dika ihe mmadụ chepụtara ma detụọ ya n’akwukwọka ụwa na olu ya. ọ bụghi naani nchepụtara mere abụ ihe ọ bụ, e chepụtakwara iduuozi ma ejije echepụta kama ọ bụ usoro e jiri dee abụ nakwa asụsụ aka e jiri chọọ abụ mma, mere ka abụ d iche na nglalba agụmọgụ nd ọzọ.

Abụ na-ad n’ahr n’ahr na nkeji na nkeji n abụ, a naghi ekwu ahrrokwu, owere ihe a na-ekwu bc ahrrabụ ọtụtụ oge, e nwere ike inweta ahrr r maọbụ kaira n’out ahrr abụ bụ nke ga-emese ahrokwu zuru oke ma nye nghọta mgbe ufọdụ out ahr abụ na’enye nghọta zụrụ, mgbe ọzọ nghọta ya anaghi ezu oke ganye na ọ banyere n’ ahr ọzọ. Abụ anaghi eji ogologo akwu arụ ọrụ dike iduunazi na ejiji. Abụ na-akpa okwu akp, out mkpuruokwu n’abụ nwere ike puta ọtụtụ ihu akwụkwọ ma atulechaa ya. Ihe kpatara nka a bụ n’ihe na ode jọrọ okwu kacha mma bu nke o jiri dee abụ. Nhọrọ okwu ndi ahụ bụ asụsụ nka. Asụsụ nka dika Emenanjo (1988) kwuru bụ asụsụ a pr aka nke ọma chepụta ma họpụta bụ nke ode jiri chọọ agụmagụ ya mma. Nke pụtara na ọ bụ asụsụ nke di iche iche bụ nke odeasụ webatara n’abụ ya ka ọ ji eme ka ọgụụ hụta ụwa d ọ siri hụ ya.

Akparobaro (2006:304) kowere abụ dika nke mmadu na-esite nay a were na-egosipụta ohanaeze ka ihe siri metu ya na mmụọ. Nke a pụtara na mmadu nwere ike isite n’abụ egosiputa ebumnobi nakwa nghọta di iche iche ọ nwere gbasara ihe an-eme na ndu, na-atụgh ụjọ ọbụula maọbi mee ihere. Site n’abụ, ode na-agwa nd mmadfu eziokwu gbasara ndụ. ọ nwee ebe ndi mmadu mere ihe ọma, ọ bụ ọrụ ode ijali ha maọbụ too ha. ọ dikwanụ ebe e mere ihe ọjọọ, ọ bụ ọrụ ode n’katọ ihe ọjjọ nd ahụ ma mee ka nd mmadụ chọpụta ebe ha rir mperi ma ha\

**Asụsụ ọkpọabụ**

Abụ bụ ụzọ mmadụ si akọwapụta ka ime mmụọ ya di. Asụsụ bụ ụzọ d iche iche mmadụ si akọwaputa ebumnaọbi ya. A na-ewere abụ dika asụsụ mgbe ọkpọabụ jiri abụ mee kọwapụta ebumnobi ya. Okafor (2005:383) kwuru na “n’ihi mmadu na-eji abụ akwapụta ebumnobi ya, ya bụ na abụ bụ asụsụ”.

N’ikọwaoụta ebumnobi mmadu. Asụsụ ọbụla baara ndi na-asu ya uru. Ọ nweghi asụs ka ibe ya mma. Asụsụ ọbụla dị mkpa n’ihi ọrụ d iche iche ọ nwere ike rụrụ ndi nwe ya. Asụsụ ndi Igbo na-asụ ka a naakpọ asụsụ Igbo. ọtụtụ ndi igbo e nweghi ihe ha ji asụsụ Igbo kpọrọ . nd di etu a kwereyere n’asụsụ Igbo kwesighi isu asụ. Ha chefuru na ma asụsụ Igbo ma asụsụ bekee na ọ bụ out ọrụ ka ha na-aru, iji kọwapụta ebumnobi ndi mmadụ. ọ bụ ihe asụsụ ndi mba di iche iche na-arụ ha, ka asụsụ Igbo na-arụrụ nd Igbo. Nke a pụtara n and Igbo kwesiri iji asụsụ ha nwere kpọrọ ihe ma ghere din a-eleda asụsụ Igbo anya. N’ihi na ọ bụrụ na ndi Igbo e jiri asụsụ ha kpọrọ ihe, nke a ga-eme ha ndi mba ọzọ mụọ isu n aide asụsụ Igbo. N ụzọ di etu a, ga eme, ọ bụrụ n’odee abụ e jiri asụsụ Igbo dee abụ ya, ndi mab ọrụ maọbụ agbụrụ ọzọ ga-agụ ya ma nwekwa ezi mgbanwee na-akparamagwa bụ nke ga-ebute mmepe nke ala Naijra.

Ikekaonwu (1999:VI) na ndi out ya kọeara asụsụ dka “ebe nehedo nke akọnauche na ahumuihe ndi mmadụ.” Asụsụ na-egosi ebumnobi mmadu. Ejikwa ya akuzi usoro akparamagwa na omuma dim ma bụrụrkwa usoro nkọcha nke agwa ọjọọ di iche iche. Ndi Igbo bi n’ọwụwa anyanwu nke Naijra. steeti ndi mebere ala Igbo gunyere Abia, Anambra, Enugu, Ebonyi and Imo, ebe ọzọ bụkwa Delta na mpaghara cross River na Rivers.

Abụ igbo na asụsụ Igbo dka aka nri na aka ekpe. ọ nwegh nke a ga-ewezu ga n’ebe ihe ya no. tupu abụ Igbo arụọ ọru nke ọma n’iji ya zie ohanaeze oz, ọgụụ maọbụ ndi na-ege nti ga-abụ ndi mara asụsụ Igbo nke ọma. Ibekwe (2010”135) kwenyere nke a mgbe o kwuru na tupu mmadụ e nwee ike ngọta ihe abụ na-ekwu maka ya na onye ahụ ga-abụ onye asụsụ e jiri dee abụ ahụ doro anya nke ọma.”

Abụ ga-arụ ọrụ ya karia ma ọ bụrụ na ọgụụ bụ onye asụsụ Igbo doro anya nke ọma. Asụsụ Igbo ido ọgụụ anya gụnyere imeta imeta ma tii ma rii din a ya bụ imata ma atụmatụokwu ma atụmatụ agụmagụ bụ nke e ji achọ abụ Igbo mma.

Mmakọrita ọzọ dikwa n'ettit abụ Igbo na asụsụ Igbo bụ na abụ Igbo na-amalite rụ ọrụ yam be asụsụ igbo rụsiri ọrụ mke ya. Nke a pụtara na ọ nwere okwu ụfodụ mmadụ e nweghi ike ikwu dika okwu karia ma e kwuru ya n'ụd abụ. Abụ na-enyere mmadụ aka a ikwapụ okwu n'oha na-emeghi ihere ọbụla. Marriam (1964), Tracey (1954) na Nettle (1964) kọwara n'ime ibekwe (2013:155) na n'abụ mmadu nwere ike iji abụ kwuo okwu ọ gaghi e new ike kwuo m'ọnọdụ nkiti ma e wezuga abụ. Nke a pụtara na ode nwere ike ikwu gbasara ọnọdụ ọbụla na-atụghi ụjọ. N'ihi ikikere nke abụ na-enye nd ọkpoabụ maọbụ ndi ode, ode nwere ike isite n' abụ dee gbasara ọnọdụ ọbụla nke nwere ike ibu ọnọdụ oma maọbụ nke mbe ọjọọ ma tuzikwara ndi aka etụ ọ kwesiri ka ọnọdụ di iji weta mmepe na idinaotu nke ala Naijra.

## Ụdịdị Abụ Igbo Dị Iche Iche

Nd igbo nwere ọtụtụ abụ ha ji egosiputa ihe na-eme na ndụ ha dka . Nebolisa (2014:38) kọwara n'ufodu n'ime abụ ndi igbo gunyere abụ Ifo, Abụ otito, abụ nkocha, abụ akwarr, abụ ihunaya.

1. Abụ ifo: bụ abụ ndi ahụ a na-enbata mgbe a na-efo ifo. Abụ ifo nwere ike kwụ naani ya, a na-efo dika ifo. ọ nwekwara ike nọkwa n'ime akụkọ ifo.
2. Abụ otito: Nke a bụ ụdi abụ nwere ike iji too Chukwu maọbụ mmadu. E nwekwara ike iji ya too ihe nkiti.
3. Abụ nkọcha: nke a bụ udi bụ eji agwa mmadu ihe ọjọọ ọ na-eme. Ebumnobui abụ a, bu ka onye ahụ kwụs ihe ọjọọ ọ na-eme.
4. Abụ akwarr: Nke a bụ ụudi abụ maadụ ji egosi na obi adghi yam ma.
5. Abụ ihunanya: n'ụdi a, mmadu ji ya egosi ihunanya n'ebe anye ọzọ nọ.

## Uru Abụ Bara

Abụ bara ọtụtụ uru nke gụwayere nd a. ọ bụ site b'abụ ka mmadụ si ezipụta ka ihe siri metata y na mmụọ. Mmadụ jikwa abụ akasi onwe ya obi. Eji abụ ekpe ikpe ma jirikwa ya na-efe ofufe di iche iche. E ji abụ akwagide ihụnanya di iche iche. Abụ na-arụkwa dika enyo ncheta ihe gara aga na ndu mmadụ. Ihe nke a pụtara bụ na ihe ọbụla nke e tinyere n'ụd abụ ọbụlafodu omenala, nkwenye

maọbụ ihe ọbụla mere mmadụ na ndụ, ọ bụ na-agụpụta n’abụ, ọ ga-aha ezigbo tupu nd mmadụ maọbụ ndi nke a metutara echefuo ya.

**Abụ Igbo na Mmepe Ala Niajra**

Ode abụ bụ otu n’ime ndi odee bụ ndị nyere aka iji kwalite idinaotu na mmepe nke ala Naijra bụ.
Echebima. Nchocha a na-eleba anya n’abụ dika enyo e ji ahụ ihe na-eme n’ala Naijra dika Echebima siri dee ya n;isiokwu nke o kpara “Gini ka mmadụ bu” isiowku a na-egosi ka o si anu ode ọkụ n’obi, n’ime ka e nwee udo, idinaotu na mmepe n’ ala Naijra. ode a mepụtara ọnọdụ ọjọọ di iche iche bụ nke a na-ahụ n’ ala Naijra dika oke ọchchọ nke onwe, mmegbu naikwafu ọbar na mee ka ogụụ ghọta n; ihe niile nd a, e nwegh nke bara uru ọbụla n’ihi na njedebe ha nile bụ n’uwa a. Odee dighi abụ a maka iji me end mmadụ obi ụtọ. ọ depụtara ụzọ di iche iche ndi mmadu si echekasi ma na adogbu onwe n’ihi oke ọchichọ, ma chefuo na mmadu bụ aja nkiti.
Mmegbu, na ikwafu ọbara na nkewa anaghi eweta mmepe ọbụla n’ala Niajra keria omume ọjoo ndi a na-eme ka ọnọdụ ala Naijra jọkaria ajọ. Odee depụtakwara ka nd mmadu n’enwe obi anur mgbe ha na-akwafu ọbara ma na-emegidekwa mmadụ ibe ha. Odee kwụrụ na ndi mmadụ e chefuola n’ uwa a bụ ihe efu. Odee gosiputakwara nwute ya n’ala Naijra ka ndi mmadụ si adogbu onwe ha n’oke ọchchọ ma chefuo n’ụwa bụ aja.
O siri;

Gini ka mmadụ bụ<br>
O ji esogbu onwe ya<br>
Adogbu onwe ya<br>
Echegbu onwe ya?<br>
Aja efu<br>
Kom kom<br>
Ikuku efu (peji 29: ahrr 1-7)

Odee kọwakwara omume ụfodu na-ebute ndegbachiazụ na mmepe nke ala Niajra dika mmegbu na I nara mmadụ ihe rurru ya. ọ tuziri aka na I nweghi ruruuuuu mmadu na-erite mgbe ọ na-emgbu mmadu ibe ya.
O siri,

I na-emegbu mmadụ ibe gi<br>
I bụ onye?<br>
I ga-ato n’ụwa

I ga-ebụ akụ ụwa laa mmụọ?
ọ dighi, eny m
ọ dgh (ahr 1-6)

Odee egosiputakwara ka nd mmadụ si e new anụri mgbe ha na-akwafụ ọbara. O nyere ndụmodụ ka agbzrz niile na n'ime Niajra nwee obi mgbaghere, idinaotu ma na-emekọrita dika nwanne na ọ bụ ụzọ di etu a kachas mma iji bi n'ụwa, n'ihi n'ụwa a bụ aha onye nọsa ọ laa.

Mgbe I nan-enu na-eme abụba
Mgbe  na-eweliri onwe gi aka
N'ihi ike na mmegbu gi
I na-echetakwa
Na ụwa bụ aha
Onye nọsa ọ laa.  (ahr, 1-6)

Odee chopụtara mkpa ọ d udo, idinaotu n'ala Naijra. ọ chọpụtara n'omume rur ụny niile a na-ahuta n'ala Naijra. agagh abụ uru ọbụla na mmepe ala Naijra. ọ mere ka nd omebi iwee niile, ndi na-akwafu ọbara na nd mmegbu ka ha mata ọnọdụ ha n'cwọ.

O siri;

I na-echetakwa
Na aja efu ka I bụ?
Kom kom efu
Nke nke ise (ahr 1-3)

N'ihe na odee chọpụtara mkpa ọ d n'e nwere eụi mmepe n'ala Naijra. ma ọbụkwanụ mmadụ nwere ike ime ka mmepe ahụ ghara idi etu o keresiri. Odee na-eme ka nd mmadụ mata na ọ ka mma hapụ ihe omume ọjọọ di iche iche iji nwee mmepe n' ala Niajra makana dika mmadụ, na ọnwụ nwere ike ba mgbe ọbụla.

ọ siri;

Gini ka mmadu bụ?
Okpokoro ihe
Na nwegh nọ n'ime ya

Ebumnobi odeabụ a bụ ka e were nwee  udom idinaotu na ezi mgbanwe tọrọ atọ. ọ bụ ihe nd a jikọtara ọnụ wee bụrụ mmepe nke ala Naijra. obodo nwere udo na idinaotu e nwela mmepe n'ihi na mmepe kacha di mkpa bụ mmepe nke nd mmadụ isite n;ụzọ ọjọọ ha si eche echiche webanye n'iche echiche etu kwesiri ekwesi. Odee wepụtara ọnọdụ ọjọọ d iche iche bụ nke a na-ahụ n'ala Igbo nakwa Naijra dika; mmegbu Ikwafu ọbara, ikpo as nke ndi out ekpemaekpe

di iche iche, nkewa, oke ọchchdgz. Ihe ndi a niile bụ ihe nd so akpagide mmepe nke ala Naijra.

Abụ bụ ezegbata ngwaọrụ eji ahụza akpamagwa ndi mmadụ.

Nchọcha a na-atu alo na ọgugu na ọmụmụ abụ Igbo ga-eme ka e'nwee udo, idinaotu, chekwa na obi mgbaghara n'etit agbụrụ niile mejupụtara ala Naijra. n;ihi na abụ ba-eji okwu aka di iche iche gbanwee wchiche ndi mmadu bụ nke ga-ebute udo isinaotu mmepe nke ala Naijra.

**Nchikọka**

Ala Naijra a nwechebeghi mmepe n' akụkụ niil dka o kwesiri. Ihe kpatara nke a bụ nkewa, kwafu ọbara, nd nna ndọrọ na ekparamagwa nd mmadụ di iche iche bụ ndi mejupụtara ala Naijra. Ebe ọnọdụ ọjọọ d iche iche etu a di, mmepe fọrọ atọ agaghi adikwa ọ bụ ọrụ odee abụ n'iji asụsụ dabara adaba gbanwee echiche nd mmadụ ma mee ka ala Naijra nwee udo, ihunanya, idinaotu na mmepe. Abụ kwesikwara ka a na-agụ ma na-tuzi ya malite n'uloakwụkwọ ọtakara wee ruo na mahadum. Nke a ga-akunye ihunanya n'ime nd na-eto eto na mee ka ha mata na mmadu n'ala Naijra bụ out na ebe nkewa na ikpa oke din a mmepe anaghi adi.

**Edensibịa**


Akinlabi, A.W Waheed, T, A, Ojo, T.A (2013). Poetry as a tool for promoting national intergration and security. Journal of African & Asisa studies Nnamdi Azikiwe University Awka. Vol 1, No (2) pp 103.

Akparobaro, F. B. O (2006) Introduction to African oral literature Lagos: Princeton press.

Akidi, C.F (2013). Igbo language & sustainable development interaction journal of Igbo studies Awka Nnamdi Azikiwe university Awka.

Chukwuezi, A. B (1988); Akọ bụ ndụ. Lagos mages press.

Dike, G. A (2008) Nigeria languages: Veritable tools for community education and development. Journal of language, Art & culture. Owerri Alvan ikoku federal college of Education.

Echebina, G. N (2001) Ako na uche Ibadan loyal press.

Ekwealor C. C (2009) Agụmagụ ederede Igbo n'ozuzu oke nsukka: pascal press.

Emenanjọ, N. (2013). Utara Nti Nwoyacha Abụ igbo Awka.

Emenanjo, N (1988). Atumatu agụmamụ na atụmatụ okwu lagos: long men press

Ikekaọnwụ, C. N. ndi out ya (1999). Fọnọloji na grama igbo Ibadan: University press.

Ibekwe, E.U (2010) Music, Languag and the universal implication of meaning journal of the association of Nigeria music cologists pp 66-73.

Ibekwe; E.U (2013). Music as and invaluable tool for substance of Igbi language. Journal of igbo studies, unizik.

Merrian, A. P (1964) the anthropology of music. leSA: North Western university press.

Mett, B. (1964). Theory aid method in Ethnomusicology. New York Macmilliam press.

Nebolisa, O. E (2014). ọmụmụm Agụmagụ igbo Awka: SamosamoPress.

Nwana, O. C (1989). Role of Education in fostering national and united in Nigeria. Nigeria palm beach foundation press.

Nwadike, I. U (1992), Ntọala Agụmagụ: Enugu: Ifunanya press.

Okafor, R. C (2005) music in Nigeria society. Enugu: new generation press.

# Mkpọaha na Nnọchiaha Na-enweghị Nnọso: Ụdịdị Na Ọnọdụ Ọdabere N'asụsụ Igbo

Comfort Nwuka Ezebuilo[1] & Christian Sopuruchi Aboh[2]
Mahadum Naịjirịa, Nsụka, Steeti Enugu, Naịjirịa

Akwukwo a na-elebanye anya na mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso; ụdịdị na ọnọdụ ọdabere n'asụsụ Igbo site n'itule usorookwu na echiche/nghọta nke mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso, mwube mkpoolu na-enweghị nnọso, mwube ụbara na-enweghị nnọso; ụdịdị ọdabere na ọnọdụ ọdabere, ntụcha odabere Igbo na ọnọdụ ọdabere n'Igbo. E nwetara njatụle (data) n'akwụkwọ e dere ede na ụfọdụ ndị e nwetere n'ọwa ịntaneti. Usoro ntụcha bụ nchọcha nkọwa nke gbadoro ụkwụ na njatụle e ji n'aka. Mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso bụtụ ngalaba ọhụrụ n'amụmamụ usorookwu, nke na-arụtụ aka nye mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso (article) maọbụ nkwuso (determiner). N'asụsụ dịka Bekee, a na-eji aha nsina ngwaa na-enweghị nnọso naani na mwube pụrụ iche ma na-enwekwa nghọta pụrụ iche. N'eziokwu, ọnọdụ na nkọwa mkpọaha na-enweghị nnọso n'asụsụ na-agbado ụkwụ na mkpụrụokwu ndị e ji arụ ọrụ. Akwụkwọ a gbadoro ụkwụ n'atụmatụ ngakọrịta ndizu mma (Bidirectional Optimality Theory) nke Blutner tụpụtara iji kọwaa ihe kpatara ụdịdị ndị na-enweghị akara ji nwee nghọta na-enweghị akara. Ngakọrịta bụ ohere na-eme ka e nwee nzimozi n'ụzọ abụọ. Mkpọaha ndị nwere akara ka a na-akpọ mkpọaha ndị zuru oke ebe ndị na-enweghị akara ka a na-akpọ mkpọaha na-enweghị nnọso. Nchọcha gosipụtara nnọchiaha Bekee n'izugbe na nkwuso anaghị anọkọrita, ebe ha nọkọrịtara, a na-enwekarị mgbanwe n'ọrụ nke nnọchiaha ahụ. Nchọcha gosiri na ọmụmụ ọdabere Igbo nwere ntụnye dị mma n'atụmatu sayensị asụsụ n'izugbe. Akwụkwọ a na-atụnye alo ka e mee nchocha n'ọdiniihu iji kọwamie isiokwu nke edemede a.

*Ọkpụrụkpụ okwu:* mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso, atụmatụ ngakọrịta ndizu mma, ọdabere

This research looks at bare nouns and pronouns as well as the structures and positions of enclitics in the Igbo language. This is

made possible by examining the syntax and semantics of bare nouns and pronouns, structures of singular bare nouns, structures of plural bare nouns; and the types and positions of enclitics in Igbo. Data for analysis were obtained from published texts and materials from the internet. Analysis was made based on the data at hand. Bare nouns and pronouns which simply mean nouns and pronouns without articles and determiners are relatively new in syntax. In langauges like English, bare nouns derived from verbs are used in special constructions and they have special meaning. The research hinges on Bidirectional Optimality Theory propounded by Blutner to explain why unmarked constructions have unmarked meaning. Co-occurrence paves way for double interpretations. Marked nouns are called complete nouns while unmarked nouns are called bare nouns. The research highlights that generally, English pronouns and the determiners do not co-occur. In cases where they do, there is a change in the function of such pronouns. The paper finds out that there is a good prospect in the study of enclitics in linguistic theories in general. The research recommends that further studies should be carried out so as to have a holistic invsestigation of the topic under discourse.

*Keywords:* bare nouns and pronouns, bidirectional optimality theory, enclitics

**Mkpọlite**

Lingwistiiks bụ mgbaso usoro sayensị n'amụmamụ asụsụ. Agbedo (2015) kọwara na lingwistiiks metụtara sayensị n'ihi na ọ gụnyere ọmụmụ n'ụzọ tọrọ atọ banyere ụdịdị, ọdịdị, nghọta, njiarụọrụ, mgbanwe na akụkọ ntolite nke asụsụ. E nwere ụfọdụ ogo nke amụmamụ asụsụ na-anọ arụ ọrụ: (i) ogo nke ụda (ekwurunọnụ), (ii) ogo ụdịdị na ndokọ nke e nwekwara ike ịkpọ ogo grama/usorookwu; na (iii) ogo echiche/nghọta. Ngalaba lingwistiiks nke na-ahụ maka ogo ndị a bụ: amụmamụ ụda na amụmamụ mkpụrụụdaasụsụ, amụmamụ mmebeokwu, amụmamụ usorookwu, na amụmechiche. Ka o sila dị, ọrụ a ga-agbasakwa ụkwụ na mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso; ụdịdị na ọnọdụ ọdabere n'asụsụ Igbo. Mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso bụ mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso maọbụ nkwụso. Ọdabere

n’aka nke ọzọ bụ mkpụrụasụsụ/mọfịm ntado nke so n’otu n’ime nkejiasụsụ obere dịka nnọchiaha, nkwuso, njikọ, nnyemaka, akara njụmajụjụ, wdg (hụ Halpern 1995). Mbah na ndị ọzọ (2013:137) kọwara ọdabere dịka “okwu nwere ike ịkwụrụ onwe ya mana e gburu ya ịchafụ o wee dabere n’okwu ọzọ.”

Ọmumụ usorookwu bidoro na mba Griik. Ndị fịlọsọfa Griik chọpụtara ma guzobe nkejiasụsụ asatọ a maara ama. Ya bụ, maka nka na ọgụgụ isi nke ndị ọkammụta Griik, Rom, nke welitere isi ka Griis dachara, gbadokwara ụkwụ n’usoro grama ndị Griik n’iwube ọmụmụ grama Latịn. N’ihi nke a, ọmụmụ Latịn nakwa n’ebe ọ dị ukwuu nkewa nke nkejiasụsụ sooro ụkpụrụ ndị Griik n’inwetekwa nkejiasụsụ asatọ. Asụsụ Bekee sokwaara ụkpụrụ ndị ọkammụta asụsụ Rom wee nwetekwa nkejiasụsụ asatọ nke a na-ahụ n’asụsụ Bekee.

Ọtụtụ mba dị n’Afrịka ka ndị ọcha chịrị. Naịjirịa, otu n’ime mba Afrịka a chịrị, ṅọmiiri ndị ọcha a n’ebe ọ dị ukwuu n’ihe gbasatara obibi ndụ mmadụ nke amụmamụ asụsụ na lingwistiiks so n’ime ha. “Ndị Briten chịrị Naịjirịa; ọ bụkwa ya kpatara amụmamụ asụsụ ama ala Naịjirịa dịka Igbo, Hausa, Yoruba, Tiv dịrị gawazie gbasoro usoro asụsụ Bekee” (hụ Mbah 2006:15).

Nkọwa a nọ n’elu mere ka anyị ghọta na e mebere amụmamụ asụsụ Igbo site n’iṅomi asụsụ Bekee. Ya bụ, asụsụ Igbo wepụtakwara nkejiasụsụ asatọ nke e nwere ike ịkpọ nkenụdị mkpụrụokwu. Nkenụdị ndị a bụ: mkpọaha, nnọchiaha, ngwaa, nkwuwa, mbuụzọ, njikọ, nkọwaaha na ntimkpu.

Usorookwu bụ otu n’ime ngalaba gbara ọkpụrụkpụ na lingwistiiks. Ọ bụ ngalaba lingwistiiks nke na-ahụ maka etu mkpụrụokwu na-esi anọkọta ọnụ iji mebe ahịrịokwu na ewumewu ndị ọzọ ndị dịwagara iche n’amụmamụ mmebeokwu nke na-elebanye anya etu e si emebe mkpụrụokwu. Anagbogu, Mbah na Eme (2010) kwuru na usorookwu na-ahụ maka nhazi mkpụrụokwu n’ụzọ gara nke ọma iji nweta nkeji buru ibu dịka ahịrịokwu, nkebiahịrị nakwa ntụcha ewumewu ndị ahụ. Usorookwu na-agba mbọ ịhụ na mwube ndị ahụ nwere nghọta. N’ihi nke a, mgbe ụfọdụ; a na-akpọ usorookwu grama.

Otu ihe dị mma gbasara usorookwu bụ na ọ na-enyere ndị ọkachamara sayensị asụsụ aka n’ikewa asụsụ. Ọtụtụ asụsụ na-egosi myiri n’ụdị - isiahịrị, ngwaa, na nnara. Ịmaatụ:

1a) Bekee: SVO S
V O

Obi
/kick-PST/ *a ball*

Obi
*/kicked/ a ball*

S
/V/ O

*I*
*buy-PST a skirt*

*I*
*bought a skirt*

b) Ọ
/bya-PST/ ụnyaahụ

Ọ
byara ụnyaahụ

*He/she came*
*yesterday*

c) Ada
/ri-PST/ nri

Ada
riri nri

*Ada*
*ate food*

Myiri n’ụdị nrụaka/mọdịfaya na isi aha (head noun) bụkwa ihe e nwere ike ịgbado ụkwụ n’ikewa asụsụ.

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| 2a) Bekee | | *The* | *goat* | *This* | | *man* |
| | nrụaka | isi aha | | Nrụaka | isi | aha |
| b) Igbo | | ahụ | Nwoke | a | | Ewu |
| aha | nrụaka | | | Isi aha | nrụaka | Isi |

Ntụcha na nkọwa ihe ndị a pụtara ihe n’asụsụ bụ ihe usorookwu na-ahụ maka ya. Usorookwu na-amụ maka “ewumewu ndịnịime nke ahịrịokwu.” N’okpuru usorookwu ka e mebere iwu ndị a na-eji asụsụ ọbụla arụ ọrụ na-eso iji nweta “ewumewu ahịrịokwu a nabatara” buru ibu (Agbedo 2015).

Mkpọaha na nnọchiaha n’asụsụ Bekee na-enwe ụfọdụ ndịnọrụ (keesi) dị iche iche dịka ọrụ ha na-arụ si wee dị n’ahịrịokwu. Ha nwere ike ịbụ **keisiahịrị** maọbụ **kenọmịnativ** (nke pụtara na ha nwere ike ịnọ dịka isiahịrị nke nkebiokwu nnọrọonwe maọbụ ndabe), **keonwunwe** (nke pụtara na ha na-egosi onwunwe nke ihe ọzọ), maọbụ **kennara** (nke pụtara na ha na-arụ ọrụ dịka nnara emereme na nnara nke mbuụzọ). Ewezuga ọdịdị keonwunwe (nke a na-emebekarị site n’itinye rịkọm elu n’ihu akaraedemede *s*), mkpọaha anaghị agbanwe ọdịdị ndịnọru ha (ya bụ, ọdịdị kegrama) n’asụsụ Bekee. Ha nwere ike iwere ọdidị ndịnọrụ keisiahịrị maọbụ ọdịdị ndịnọrụ kennara, mana, ọdịdị kegrama ha na-adị etu ọ dị. Ọmụmaatụ:

3a) *<u>O</u>bi killed the man*

*b) The man killed <u>O</u>bi*

N’ọmụmaatụ dị n’elu, ọnọdụ keisiahịrị na kennara nke *Obi* weere agbanweghị ọrụ kegrama *Obi* dịka aha. Ihe a bụ otu n’ime

obere ụzọ asụsụ Bekee ji dị mfe karịa asụsụ ndị ọzọ. Nnọchiaha n'aka nke ọzọ, na-agbanwe ọdịdị ya mgbe ha gbanwere ndịnọrụ; mgbanwe na-apụtakarị ihe n'etiti nnọchi onwe dịka:

4a) *The man killed <u>him</u>*

*b)* *<u>He</u> killed the man*

N'ọmụmaatụ ahịrịokwu ndị a dị n'elu, nnọchiaha *him* gbanwere ọdịdị ya bụrụzie *he* dịka ndịnọrụ ya si n'ọdịdị ndịnọrụ kennara bụrụzie ndịnọrụ keisiahịrị. Nke a bụ maka na ọ dabachaghị ikwu:

*Him kiiled the man*

| **Ọdịdị ndịnọrụ keisiahịrị** | **Ọdịdị ndịnọrụ kennara** | **Ọdịdi ndịnọrụ keonwunwe** |
|---|---|---|
| **Mkpoolu Ụbara** | **Mkpoolu Ụbara** | **Mkpoolu Ụbara** |
| I We | Me Us | Mine, my Ours, our |
| You You | You You | Yours Yours, your |
| He/she/it They | Him/her/it them | His/her/hers/it Their, Theirs |

Nnọchiaha bụ mkpụrụokwu *(me, they, she, it that)* ndị e ji anọchi nkebiaha, na-arụtụkarị aka n'ihe a mabuuru. Ịmaatụ: *he likes himself, this is it* (Yule 2002).

Nchọpụta gosiri na e nwere mkpọaha nwere akara na ndị enweghị akara n'ụfọdụ asụsụ. Mkpọaha ndị nwere akara, nke a na-akpọ mgbe ụfọdụ 'mkpọaha mzuruoke' maọbụ 'nwere nnọso' bụ mkpọaha ndị nwere nnọso na nkwuso dịka; otu igwe, otu oroma, mkpara ahụ, ngwaahịa ahụ, klaasị ahụ, osimiri ahụ, nwata nwaanyị

ahụ, elekere mgbaaka ahụ wdg. N’aka nke ọzọ, mkpọaha na-enweghị akara bụ mkpọaha ndị na-enweghị nnọso maọbụ nkwuso. A na-ejikarị ha arụ ọrụ na mwube pụrụ iche nke nghọta pụrụ iche. Ọmụmaatụ:

*I went to the Emekas’*

A ma ahaaka maka ọdịdị enweghị nnọso ha (ya bụ, ha anaghị enwe nnọso maọbụ nkwuso). N’ebe ha nwere, ha na-eweta nghọta pụrụ iche. N’ahịrịokwu nọ n’elu, ahaaka *Emeka* nọ n’azụ nkwuso nke mere ka nghọta ya pụọ iche. *Emekas*’ n’ebe a pụtara ezinaụlọ *Emeka* ha.

Site na nkọwa nnọchiaha e nyerela, ha bụ mkpụrụokwu nke e ji anọchi anya mkpọaha ha na-anọchite anya. N’ụdị a, ha nwere ohere ịnọ ebe mkpọaha ha na-anọchite anya nọ. Ya bụ, nkọwa ọbụla anyị na-enye mkpọaha metụtara nnọchiaha n’otu ụzọ maọbụ ụzọ ọzọ. Na-adịghịkwa ka mkpọaha, nnọchịaha so na nkenụdị ntachi (ya bụ, a ma ole ha dị). Dịka e kwuru na mbụ, mkpọaha anaghị agbanwe ọdịdị ndịnọrụ ha n’asụsụ Bekee ewezuga ụdịdị ndịnọrụ keonwunwe dịka: *Obi’s, Mary’s, frogs’, doctors’* wdg. Nnọchiaha na-agbanwe ọdịdị ma ha gbanwee ndịnọrụ. Ọmụmaatụ:

5a) *<u>I</u> killed the goat*

b) *The goat was killed by <u>me.</u>*

N’ebe a, nnọchiaha *I* na (a) n’ọnọdụ keisiahịrị gbanwere ọdịdị ya n’ọnọdụ kennara n’ahịrịokwu nke abụọ maka na ndịnọrụ ya gbanwere.

Nchọpụta nke nchọcha a ga-abara amụmamụ usorookwu uru n’izugbe ma ọkachasị mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso; ụdịdị na ọnọdụ ọdabere n’asụsụ Igbo. Ụfọdụ ndị ọmụmụ edeela ihe na mkpọaha nzuruoke n’asụsụ Bekee nakwa ọnọdụ ọdabere n’asụsụ Igbo na-elebanyeghị anya na nwanne ya na-enweghị nnọsọ: ya bụ na-emeghị nchọcha n’ọdabere ihu na ọdabere nkenụdị ndị ọzọ. Site na nke a, enweghị ezigbo akaebe gbara ọkpụrukpụ igosi na elebanyela isiokwu a anya nke ọma. Ọ bụ n’ihi nke a ka ndị nchọcha ji wee hụta ya ka ihe dị mma ilebanye anya

n’isiokwu a. Etu ọ dị, nhịahụ nchọcha bụ enweghị oge. Anyị enweghị ike inyocha isiokwu a etu a chọrọ. Ya bụ, a na-atụ anya na a ga-emekwu nchọcha iji wee kọwamie mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso; ụdịdị na ọnọdụ ọdabere n’asụsụ Igbo.

E kewara akwụkwọ a ụzọ anọ. Nke mbụ bụ mkpọlite, nke nyere ntọala n’izugbe gbasara akwụkwọ na nhazi ya. Nkebi nke abụọ bụ ebe atụlegharịrị agụmagụ ndị yitere isiokwu. Nke atọ bụ ntụcha njatụle. Nke anọ bụ nchịkọta na mmechi.

**Ntụleghari agụmagụ**

Nkebi a nyere nchịkọta nchọcha emerela na mkpọaha n’izugbe. Ebumnuche ya bụ inye ọgụụ ntọala mkpọaha.

**Ntọala keatụmatụ**

E nwetere mkpọaha na mkpụrụokwu Latịn, ‘Nomen’ nke pụtara nnọọ ‘aha.’ Ya bụ, mkpọaha pụtara nnọọ aha. Ya bụ, ihe e jiri mara onye maọbụ ihe. Onye ọbụla maọbụ ihe dị n’ụwa a nwere ihe a na-akpọ ya maọbụ ihe e jiri mara ya, ne a na-abụkwa aha ihe ahụ maọbụ onye ahụ ozugbo. N’ịgbado ụkwụ na nkọwa a dị n’elu, Onah (2010:11) kọwara mkpọaha dịka aha a na-enye mmadụ, ebe, anụmamụ, ihe, njirimara, emereme na ihe e ji atụ ihe.

Mkpọaha dịka Yule (2002:88) si kwuo bụ mkpụrụokwu ndị ahụ e ji arụtụrụ mmadụ, ihe, ihe okike, ebe, njirimara, echiche na ebumnuche ahụghị anya dịka a ga-asị na ha bụ ‘ihe’ niile. Ụdịrị nkọwa a bara uru n’iwepụta ụdịdị dị iche iche mana o zuchaghị oke. Nke a bụ maka usoro dị iche nwere ike ilekwasa anya na nkejiasụsụ a. Ịmaatụ; e nwere ike ịkọwa mkpọaha dịka ọdịdị na-abịa n’azụ nnọso aha (the, a) ma nwekwaa mgbanwe maka onwunwe (-‘s) na ụbara (-s). N’eziokwu, ọ bụghị aha niile (ọmụmaatụ; ozi, ụrọ) nwere njirimara ndị a (Yule, 2002).

Dịka Ukwuegbu, Idris, Okoro, Okebukola na Owokade (2002:77) si kọwaa, e nwere ike ịkọwa mkpọaha n’ụzọ abụọ.

Nkọwa A: Mkpọaha bụ mkpụrụokwu na-enye mmadụ (ọmụmaatụ: nwoke, Nkechi), anụmanụ (dịka nkịta), ebe (dịka Legọọsụ, ugbo),

ihe (dịka mkpịsị ode), echiche (dịka nnwereonwe), mmereme (dịka mberede okporo ụzọ) maọbụ emume (dịka Ekeresimesi) aha.

Nkọwa B: Mkpọaha bụ mkpụrụokwu nwere njirimara anọ ndị a:

i. O nwere ike ịnọ n'ọnọdụ ihe maọbụ n'azụ ngwaa ozugbo n'ahịrịokwu. Ọmụmaatụ: (a) *The ____ is good*. (b) *We saw a*_____.

ii. O nwere ngwụcha ụbara –*s* (maọbụ ọdịdị ọzọ pụtara 'karịrị otu') dịka: *boys, churches, women* wdg.

iii. O nwere ọdịdị keonwunwe. Ọmụmaatụ: (a) *Olu's book*; (b) *The girl's handbag*

iv. 'Akara aha' nwere ike ịnọ n'ihu aha dịka *a, an, the, his, my, this, those, several, many*. Ọmụmaatụ*: a book, my pen, those apples, several students*.

Nkọwa a gbasara aka ma kwekwa nghọta n'ọdịdị ya. Ọ bara uru n'ịchọpụta ọdịdị buru ibu. Ọ dabakwara adaba.

**Nchọcha e merela banyere isiokwu**

Mkpọaha n'asụsụ Bekee ka e kwuru na ọ na-egosi ndịnọrụ dịka ọrụ ya si dị n'ahịrịokwu. Ha nwere ike ịbụ Mkpọaha na nnọchiaha n'asụsụ Bekee na-enwe ụfọdụ ndịnọrụ (keesi) dị iche iche dịka ọrụ ha na-arụ si wee dị n'ahịrịokwu. Ha nwere ike ịbụ **keisiahịrị** maọbụ **kenọmịnativ** (nke pụtara na ha nwere ike ịnọ dịka isiahịrị nke nkebiokwu nnọrọonwe maọbụ ndabe), **keonwunwe** (nke pụtara na ha na-egosi onwunwe nke ihe ọzọ), maọbụ **kennara** (nke pụtara na ha na-arụ ọrụ dịka nnara emereme na nnara nke mbuụzọ). Ewezuga ọdịdị keonwunwe (nke a na-emebekarị site n'itinye rịkọm elu n'ihu akaraedemede *s*), mkpọaha anaghị agbanwe ọdịdị ha na Bekee (Ihe bụ otu n'ime obere ụzọ asụsụ Bekee ji dị mfe n'asụsụ ndị ọzọ). Nnọchiaha n'aka nke ha, na-agbanwe ọdịdị ma ha gbanwee ndịnọrụ; mgbanwe ndị a na-apụtakarị ihe na nnọchionwe.

Ọtụtụ mba Afrịka bụ ndị ọcha chịrị ṅomiri ndị ọcha a n'ihe gbasara obibi ndụ mmadụ nke amụmamụ asụsụ na lingwistiiks so na

ha. Ndị ọcha chịrị Naịjirịa, n'ihi nke a, ọmụmụ asụsụ amaala Naịjirịa dịka Igbo, Hausa, Igala, Yoruba, Tiv wdg sooro ụkpụrụ asụsụ Bekee (hụ Mbah 2006:15).

E nwere ụzọ dị iche iche e nwere ike isi kewaa mkpọaha Igbo. Ụfọdụ n'ime ụzọ ndị a bụ: iji usoro keọkpụ, kemmebeokwu maọbụ ụzọ ụdaolu.

Usoro kemmebeokwu bụ ụzọ e si emebe mkpọaha n'ebe o metụtara nkejiokwu mebere mkpọaha ahụ. N'okpuru nkenụdị a, anyị nwere mkpọaha otu nkejiokwu nke bụ mkpọaha nwere nnọọ otu nkejiokwu. Ọmụmaatụ; chi, di, ji. Anyị nwekwara mkpọaha nkejiokwu abụọ, ndị gụnyere mkpọaha nwere nkejiokwu abụọ. Ọmụmaatụ; mbe, ncha wdg. E nwere mkpọaha ndị nwere nkejiokwu atọ. A na-akpọ ha kenkejiokwu atọ. Ọmụmaatụ: agbịsị, obodo wdg. Mkpọaha ndị nwere nkejiokwu karịrị atọ ka e kpokotara ọnụ iji mebe nkenụdị mkpọaha a na-akpọ mkpọaha nkejiokwu ukwu. Ọmụmaatụ: oketembe, ogologo wdg (Mbah 2006:15-16).

Usoro ụdaolu na-arụtụ aka etu e si eji ụdịrị ụdaolu ọdịdịchi mkpọaha wee na-ekewasị ha. Usoro keọkpụ bụ usoro nke na-agbado ụkwụ n'ọrụ, agụmọnụ, ọnọdụ na ogo a hụrụ anya wee na-ekewasị mkpọaha.

Na-adịghịkwa ka mkpọaha Igbo, mkpọaha na Bekee nwere nkenụdị abụọ. Na nkenụdị nke mbụ, anyị nwere ụdịrị aha dịka aha izugbe, aha aka, aha igwe, aha ọkpụrụkpụ na aha uche. N'okpuru nkenụdị nke abụọ, anyị nwere mkpọaha ngụtaọnụ na agụtaọnụ.

## Ntụcha njatụle

Anyị ga-eji atụmatụ ngakọrịta ndizu mma nke Blutner (2000) n'usorookwu ịkọwa ihe kpatara ọdịdị enweghị akara (enweghị nnọso) ji nwee nghọta na-enweghị akara (nkwekọrịta). Na ntụcha ọrụ a, anyị ga-ekwu maka mkpọaha 'nwere nnọso' na nke 'na-enweghị nnọso' otu oge iji wee kọwaa ma meek a o dokwuo anya ihe mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso pụtara. Atụmatụ e ji rụọ ọrụ bụ iji mee ka ihe a na-akọ doo anya. Agụmagụ/ederede ọhụrụ na mpụta nkwuso n'asụsụ mba ụwa gosiri na nnọso pụtara n'oge n'asụsụ ebe a na-ekpokọta ntinye nkwuso, dịka ọ dị n'Ịtalịan,

Katalan, na Griik (Chierchia et al, Guasti na Gavarro 2003, Marinis in press).

**Nnara na-enweghị nnọso**

Ọnọdụ mkpọaha na-enweghị/nwere nnọso na-apụta n'ọnọdụ ọbụla n'asụsụ Bekee ma na-egosi enweghị nhatanha nke isiahịrị/nnara na Katalan na asụsụ Romansị ndị ọzọ. Anaghị anabata nkebiaha na-enweghị nnọso na Katalan. Ya mere, nkebiaha na-enweghị nnọso na-apụta naanị n'ọnọdụ mmachi (restricted conditions) na Katalan: n'ọnọdụ ọchịchị, dịka nnara mbuụzọ na dịka nnara ngọm na dịka ngafe isiahịrị ngwaa nke nnara ekelesu (Chierchia 1998). Akụkụ kacha mkpa na nghọta mkpọaha na-enweghị nnọso bụ agụmagụ nhanọha (jenerik) na agụmagụ ọdịdị ya bụ nghọta nsinweta. Ọ dị mkpa ịma na nnara na-enweghị nnọso na Katalan nakwa nnara na isiahịrị na-enweghị nnọso nwere otu ụdịrị agwara na Bekee. Ọmụmaatụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| 7a) | Busco | sabates | |
| | Look-for-is | shoes | |
| | 'I look for shoes' (nhanọha) | | |
| b) | Busco | les | sabates |
| | Look-for-is | the | shoes |
| | 'I look for the shoes' (kpọmkwem) | | |

**Usorookwu na amụmechiche nke mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso**

Aha nsina ngwaa na-enweghị nnọso bụ nkebiaha nke na-enweghị nnọso maọbụ nkwuso. Achọpụtala na nnọchiaha Bekee niile na nkwuso anaghị agakọrịta. Nnọchiaha bụ mkpụrụokwu anyị na-eji anọcha aha/nkebiaha iji wee rụtụ aka nye mmadụ, ihe iji wee gbanarịa nkwunwo na-adịghị mkpa (Eyisi 2006). Ọ dị mma ikwu na ọrụ kacha mkpa nke nnọchiaha na-arụ n'ahịrịokwu bụ ịnọchi aha nke a kpọburu aha ka nkwunwo aha ndị a ghara ịgwụ ndị ọgụụ

maọbụ ndị na-ege ntị ike. N'eziokwu, nnọchiaha Bekee na nkwuso anaghị anọkọta mana ebe ọbụla ha nọkọtara, a na-enwekarị mgbanwe n'ọrụ nnọchiaha ahụ. Ọmụmaatụ:

8) *a she goat* maọbụ *a he cow*

*He* maọbụ *she* nọ n'elu nwere ụdịrị nnọchiaha mana ọ na-arụ ọrụ ka nnọchiaha. Ka o sila dị, nnọchiaha ndị nọ na ndịnọrụ keonwunwe maọbụ jenetiv ga-arụnwu ọrụ dịka nkwuso: *my, our, your, his, its,* na *their.* Ọmụmaatụ:

9a) *This is my book*

b) *That is her book*

c) *This is our new lecture hall*, wdg.

Dịka o si dị, nnọchiaha na-arụ ọrụ dịka nkwuso na-anọkarị n'ihu mkpọaha. Ya bụ, a na-etinye ha n'ihu mkpọaha ịkọwa ha maọbụ igosi agwara ha.

N'asụsụ Igbo, ewezuga nnọchiaha nrụaka 'ndị' (those) dịka; 'Ndị ahụ bịara', nnọchiaha Igbo niile enweghị nnọso. Na nleruanya nke ọma, isi mkpọaha a na-anọ n'ihu nrụaka n'asụsụ Igbo: 'nwa a' (this child), 'ewu ahụ' (that goat). Na-adịghịkwa ka Bekee ebe nrụaka na-abịa n'ihu isi mkpọaha dịka: *this man, the goat, that girl* wdg.

Ọ bụrụ na anyị dowe ahaaka n'otu akụkụ, aha nsina ngwaa na-enweghị nnọso dị ụzọ abụọ: ụbara na-enweghị nnọso na mkpoolu na-enweghị nnọso. Achọpụtala na elebanyela anya n'ụbara na-enweghị nnọso ogologo oge, mana mkpoolu enweghị nnọso, dịka ọmụmaatụ ndị a, bụ ndị dọtara mmasị ndị ọkachamara sayensị asụsụ na nsonso a:

10a) *John is in hospital* (Nzimebe na-enweghị nnọso)

b) *The way to use knife and fork* (Njikọ na-enweghị nnọso)

c) *Mary is chair of the department* (Nnara na-enweghị nnọso)

d) *He found door after door closed* (Myịnabọ na-enweghị nnọso)

e) *She is playing piano for the chair* (Mkpokọta na-enweghị nnọso)

Na mwube ndị a nọ n'elu, mkpọaha mkpoolu ngụtaọnụ ka ya na nkwuso na-anọkọrịta dịka:

11a) *John is in <u>the</u> hospital*

b) *Mary is <u>the</u> chair of the department*

c) *The way to use <u>a</u> knife and <u>a</u> fork*

d) *He found <u>the</u> door after <u>the</u> door closed*

e) *She is playing <u>the</u> piano for the chair*, wdg.

Mwube ndị a anaghị apụta ihe naanị na Bekee, mana n'asụsụ ndị ọzọ ndị na-achọ mkpọaha mkpoolu ngụtaọnụ dịka hospital, knife, fork, piano, na door inwe nkwuso.

Ọ bụrụ na anyị tụlerịta mwube na-enweghị nnọso nan di nwere nnọso anyị ga-ahụ na aha nsina ngwaa na-enweghị nnọso nwere ọdịdị nkọwa 'nkwekọrịta' bara ụba. N'ịgbado ụkwụ n'ọmụmaatụ ndị a nọ n'elu, a ga-achọpụta na nkuso na-eweta ókè nye nghọta mkpọaha. Ọmụmaatụ ndị a nwere akara nwere nghọta dị iche maka na ha nwere akara (ya bụ, ha nwere nnọso), ya bụ ịrụtu ihe a na-ekwu maka ya aka kpọmkwem.

A chọpụtara na ọdịdị enweghị akara na nghọta enweghị akara na-agakọrịta ebe ọdịdị nwere akara na nghọta nwere akara na-agakọrita (ya bụ, obere ọdịdị - nghọta buru ibu). Mwube na-enweghị nnọso dịka ọ dị n'elu nwere nkọwa bara ụba maka asọmpi ya na nke nwere nnọso na-eweta ndapụta dizu mma nke bụ na dịka ọdịdị na-adịkwu obere, nghọta nkwekọrịta na-ebukwu ibu, mana ọ bụrụ na

ọdịdị adịghị obere, nghọta nkwekọrịta anaghị adịkwa obere. Site na nke a, atụmatụ ngakọrịta ndizu mma na-enye aka ighọta ihe kpatara e nwee obere ọdịdị, enwee nghọta buru ibu.

**Mwube mkpoolu na-enweghị nnọso**

Aha nsina ngwaa na-enweghị nnọo anyị nwere mmasị na ha nwere otu ụdịrị mwube (okwu nke anyị ji ebe a nghọta nkọwa). Anyị ga-eji okwu dị mfe wee rụtụrụ ha aka: Nzimebe na-enweghị nnọso = [PN], njikọ na-enweghị nnọso = [N coord N], nnara na-enweghị nnọso = [kọpụla N], myịnabọ enweghị nnọso = [NPN], mkpokọta na-enweghị nnọso = [VN].

**NB:** N'ụzọ ọ dị mfe inwetanwu, ọtụtụ ọmụmaatụ ga-esi na Bekee, belụsọ asụsụ ndị ọzọ a kọwara mwube n'ụzọ kacha doo anya.

Etinyeghị nnọso aha na nkebimuụzọ bụ ihe a na-ahụta n'ọtụtụ asụsụ dị iche iche, ọkachasị na mbuụzọ ebe (Hemmelmann 1998, Stvan 1998; Baldwin et al 2006). Ọmụmaatụ bụ: in town, at sea, in church, otu of bed, on televisin, on tape, off stage, in view, at lunch, on vacation etc.

Mwube nzimebe na-enweghị nnọso na mkpọaha na-agakọrịta ịrụtụ aka ohere (n'ebe buru ibu); ebe (obodo, osimiri), otu (ụlọ ụka, ụlọ akwụkwọ maọbụ akwa), mgbasa ozi (onyoonyo, teepu), frem (nkwago, nsiahụ) na oge (nri ehihie, akaọrụ). E nwere mmetụta abụọ kacha mkpa nke anyị nwere ike iji tụlee ndịiche dị n'etiti nzimebe na-enweghị nnọso na ndị nwere nnọso. Site n'ohere keotu, nzimebe na-enweghị nnọso na-enwekarị ihe Stvan (1998) kpọrọ, nghọta emereme (an activity sense) dịka:

13a) to be in prison ‘to be a prison’

b) to be in the prison ‘to be in the location designated by ‘prison’

Ịnọ n'ụlọnga arụtụghị naanị akaebe a na-ahụ anya n'ụlọ mana isonye n'emereme nke ụlọ ahụ (njide).

Na njikọ na-enweghị nnọs, a na-ejikọ mkpọaha enweghị nnọso abụọ ọnụ:

14a) The cost of monitor, table and keyboard were included

b) He bought table and chairs for ₦600.00

Na myịnabọ na-enweghị nnọso, ngalaba ahịrịokwu na-enwe ngwaa nke na-enye nkọwa gbasara isingwaa dịka: John went home; Jane is the chair of the office.

**Mwube ụbara na-enweghị nnọso**

Agụmamgụ amụmechiche adọghaala n'ebe ọ dị ukwuu ọdịdị isiahịrị mkpoolu na-enweghị nnọso. Ha nwere nrụtụaka dị adị dịka nghọta nnara si dị. Site na njirimara nnara dịka 'Firemen are nice' (nhanọha), ụbara na-enweghị nnọso na-ewere otu ụdị nkọwa, na-arụtụ ngalaba ahụ aka n'ozuzuoke, ebe 'Firemen are available' (kpọmkwem) na-akọwa naanị na e nwere ụfọdụ ndị mmenyụ ọkụ nọ n'otu oge. Ọnọdụ nnara na-enweghị nnọso doro obere anya. Ọmụmaatụ:

15a) I ate carrots

b) I need shoes

ch) I need unicorns/flying cars, wdg.

Site na mgbatị ngwaa nọ na (a), ụbara enweghị nnọso dị adị: mpụtara ya bụ e nwere ụfọdụ karọt m tara. N'okpuru ngwaa ọchịchọ dịka ọ dị na (b); e nwere okwu dị adị: ọ ga-ekwe omume na nnara adịghị adị, dịka e si gosipụta na (ch).

Ya bụ, ọnọdụ na nkọwa mkpọaha na-enweghị nnọso n'asụsụ na-adabere na akọrọngwa mkpurụokwu dị adị. Ọnọdụ [+arg, +pred] nke ntụ na-eme ka mkpọaha na-enweghị nnọso kwe omume na bekee, mana mkpụrụokwu a tụrụ aka na otu agwara maọbụ nke ọzọ na-anọkọrịta. Nke a na-eweta mmeso mkpụrụokwu tara akpụ maka ịkọwa ihe ga-apụta dịka mkpọaha na-enweghị nnọso na Bekee: Naanị aha igwe nwere ike ịpụta n'ọnọdụ isiahịrị n'ọdịdị

mkpoolu dịka ọdịdị: “Truth is rare,” nakwa mkpọaha ngụtaọnụ ga-enweriri ụbara dịka ‘Books are available.’ Chierchia (1998) kwuru na ndịiche aha igwe/ngụtaọnụ bụ mkpụrụokwu nke onye: ‘**change vs coins**’ nwere otu ụdị nghọta mana ọ na-akpa agwa n’ụzọ dị iche iche. Ya bụ, a na-anabata aha igwe mkpoolu na Bekee. N’ịga n’ihu, a na-ewepụtakarị mkpọaha na-enweghị nnọso dịka nhanọha ma hapụ ya ka ọ rụọ ọrụ echiche/nghọta dịka nnara maọbụ aha. Ọzọ kwa, nnabta nkwuso a hụrụ anya na-ewebilata agụmagụ ọdịdị na nnọso aha n’ọdịdị na-enweghị nnọso. Nchọpụta gosiri na mkpọaha na-enweghị nnọso anaghị akwụnyere nke ọbụla n’ihe gbasara ndịiche kpọmkwem/nhanọha.

Ihe usorookwu na-achọ maka mkpọaha njikọ na-enweghị nnọso e depụtara na Dayal (2003) maka igosipụta mkpọaha na-enweghị nnọso maka mba dịka Hindi, Turkish na Mongolian gụnyere:

- Enwghị nkwuso nakwa nhanọha NP
- Enweghị akara ndịnọrụ (ya bụ, ọ naghị arụtụrụ nkenụdị ọbụla aka kpọmkwem)
- Enweghị nsonazụ keonwunwe
- Enweghị ọnọdụ keazụ
- Ọnọdụ nganihu ngwaa ozugbo
- Mgbanwe na-ekwe omume naanị n’ọnọdụ a chọrọ

Na mgbakwunye n’ihe usorookwu na-achọ, Dayal (2003) chịkọtara ụfọdụ ihe amụmechiche chọrọ maka ịkọwa mkpọaha na-enweghị nnọso dịka nkebiaha e kpokọtara ekpokọta. Ha gụnyere:

- ọnụọgụgụ nnọpụ iche (ya bụ enweghị ọnụọgụgụ)
- obere ókè
- [N + V] na-emebe nnara ọgwa/mgbagwo

- Obere odidoanya n'ụbụbọ (ya bụ, iji asụsụ na mwube na-enweghị nnọso adịghọ mfe ịghọta).

**Ụdịdị ọdabere**

Ọdabere bụ mkpụrụasụsụ/mọfịm ntado nke so n'otu n'ime nkejiasụsụ nka dịka nnọchiaha, njikọ, nkwuso, nnyemaka, akara njụajụjụ, wdg (hụ Halpern 1995; gawazie). Ọdabere enweghị nnwereonwe keụda maọbụ keusorookwu kama, ha na-adabere n'úkwù ha (ya bụ, mkpụrụokwu). E nwere nkenụdị ọdabere abụọ. Ha bụ: ọdabere azụ na ọdabere ihu. Mgbe mkpụrụokwu ha nọ na ya bu ha ụzọ, a na-akpọ ha ọdabere azụ, mana mgbe ha bịara n'ihu mkpụrụokwu ahụ, a na-akpọ ha ọdabere ihu. Ọmụmaatụ:

16a) *Joy's box*

b) *L'enfant noir* (Fụrenchị)

c) *The black child*

N'ọmụmaatụ ndị a nọ n'elu, *'s'* nọ na (Joy) bụ ọdabere azụ maka na ọ bịara n'azụ mkpụrụokwu, ebe na (L'enfant) nnọso aha 'le' bịara bụrụ 'l' site n'ịgbado ụkwụ na grama Fụrenchị. Na Fụrenchị, ụdaume anaghị agakọrịta. *'L'* bụ ọdabere ihu ebe ọ bụ na ọ nọ n'ukwu mkpụrụokwu, a na-enweta ọdabere azụ. E nwere ike igosipụta usoro a site n'akara a:

Eserese 2(a) **ỌDABERE + MKPỤRỤOKWU** ⟶ **ỌDABERE IHU + ÚKWÙ**

(b) **MKPỤRỤOKWU + ỌDABERE** ⟶ **ÚKWÙ + ỌDABERE AZỤ**

Ọmụmaatụ:

17(a) *le amour* ⟶ *l'amour*

*The love* *the love*

ỌDABERE + MKPỤRỤOKWU → ỌDABERE IHU + MKPỤRỤOKWU

MKPỤRỤOKWU + ỌDABERE ÚKWÙ + ỌDABERE

Obi + ‘s Obi’s

N’agbanyeghị mkewa ọdabere ihu na nke azụ, e kewakwuru ọdabere n’ụzọ **mfe** na **mpụrụiche**. Ọdabere mfe bụ ịchafụ ọdịdị nke mkpurụokwu zuru oke nke na-anọkwa n’ọnọdụ keusorookwu nke mkpụrụokwu ọ na-anọchi na-anọ. Ọmụmaatụ:

18 *They’ve gone*

*‘ve* bụ ịchafụ ọdịdị *have*. N’otu aka ahụ kwa, na

19 *We’ll come or go*

*‘ll* bụ ịchafụ ọdịdị *will*. Ma (18) na (19) nwere ọmụmaatụ ndabere mfe. Ya bụ, anyị nwere ike ịkọwa odabere mfe dịka “ịchafụ odịdị nke mkpụrụokwu kwụụrụ onwe ya” (Katamba 1995:240).

N’aka nke ọzọ, ọdabere mpụrụiche bụ ọdịdị ndị nwere ike ịpụta naanị ka mọfịm ntado a gbakwunyere n’ukwu n’ụfọdụ ọnọdụ keusorookwu/ọdabere mpụrụiche dị iche na mgbanwe/inflekshọn. Otu njirimara dị mkpa e ji ewta ndịiche dị n’etiti ọdabere mpụrụiche na mgbanwe bụ ikike o nwere ịrụ ọrụ dịka mgbanabọ (dual citizenship). Nke a pụtara na “ọdabere bụ onye otu nke ọzọ n’ọdịdị.” N’itinye ya n’ụzọ ozọ, ọdabere na-anọ ka nkeji mkpọnammebe. N’ihi nke a, ha nwere agwara nke na-eme ka ha dị iche n’ebe mgbakwunye na mkpụrụokwu dị.

## Ọnọdụ ọdabere

Ọnodụ ọdabere na-adị n’agbanyeghị nghọta ụfodụ mwube. Ọmụmaatụ: *the principal of school’s car*, ukwu keụda bụ *school* ebe ukwu keusorookwu/nghọta bụ nkebiaha niile nke *principal* bụ isi ya. N’agbanyeghị na ọ bụ *principal* na-abụghị *school* nwe *car*,

agbakwunyeghị *'s* na *principal*. Ya mere, ihe a chọrọ bụ ịgbakwunye *'s* na mkpụrụokwu ikpeazụ nke nkebiaha keonwunwe. Ya bụ, e nwere ike inweta ọdabere mpụrụiche site na ntunye iwu pụrụ iche maọbụ site n'abụmonye otu nke nkeji ntachị/obere. Nchọpụta gosiri na e nwere ọnọdụ ọdabere anọ nke na-enweghị mgbagha ọbụla si n'aka Anderson (1995). Ha gụnyere:

a. N'ọnọdụ mbido mkpụrụokwu

b. N'ọnọdụ ngwụcha mkpụrụokwu

c. Ọnọdụ nke abụọ n'ahịrịokwu

d. Ọnọdụ osote nke ikpeazụ (ya bụ tupu nke ikpeazụ0 n'ahịrịokwu.

**Ntụcha ọdabere Igbo**

N'Igbo, a na-ahụ ọdabere mfe na nke mpụrụiche. Na mgbakwunyere ọtụtụ ọnọdụ ọdabere n'okwu, a ka nwere agwara dị mma ndị gụnyere nghọta pụrụ iche nke ọdabere na-eweta dịka:

20a) Nleda anya, ịkwa emo maọbụ iji ihe kpọrọ ihe. Ọmụmaatụ:

Ndị a kwu bụ kwu ụmụazị

Those who CL are CL children

'These are also children'

b) Nrụtụkwu aka: i) Ọ bụ lị Uche nyeli m ji

It is CL Uche gave me yam

'It is actually Uche that gave me yam'

ii) Fa bụ lịlị ndị ajọ mmadụ

They are CL those who bad people

'They must be really bad people'

**Ọnọdụ ọdabere n'Igbo**

Dịka Anderson (1995:200) si kwuo, "ọdabere dabeere nnọọ n'ukwu ha n'ụdị ụda." Etu ọ dị, ụfọdụ mwube nwere ọdabere n'asụsụ Igbo egosila na nke a abụghị eziokwu. E nwere ụfọdụ dabeere nwekwaa ndị na-adabeghị. Ugbu a, egosipụtala na:

i) Ọdabere anaghịcha adabere n'ukwu ya n'ụdị ụda

21a) Kwuo nu okwu

IMP speak CL word

'Speak' (A na-agwa onye nke abụọ (ụbara)

b) Ada ga-abịa kwa daa

Ada FUT-come every day

'Ada will come daily'

ii. Ọ na-adabere n'ukwu ya n'ụdị usorookwu na nghọta.

iii. Ndakọrịta ụdaume na-ewere ọnọdụ n'etiti ọdabere n'ukwu ya.

iv. Ọdabere anaghị apụta ihe naanị na mbido ahịrịokwu maọbụ n'ọnọdụ nke abụọ mana n'ọnọdụ ndị ọzọ n'ahịrịokwu.

22) Ọmụmaatụ: Onye zi ka m bụ zi

Who CL that me is CL

'Who am I then?'

v. Ọdabere ọyọ na-apụta ihe n'ụfọdụ olundị Igbo

23) Ọmụmaatụ: Ki nị zi bụ ife efu

What CL CL is thing that

'What is it?'

vi. Ọdabere ihu dị n’asụsụ Igbo

24) Anyị nọ n’ụlọ Obi

We are CL house Obi

‘We are in Obi’s house.’

Site n’ọnọdụ dị iche iche nke ọdabere n’asụsụ Igbo weere n’elu, a chọpụtara na ọdabere na-emetụta nghọta/echiche nke ahịrịokwu. Ọdabere ndị a nọ na tebụlụ dị ala bụ ndị a na-ahụ n’ọlụndị Igbo na Igbo izugbe.

Eserese 3.

| S/N | ỤDỊDỊ | OKWU | ỌNỌDỤ |
|---|---|---|---|
| 1. | Ọdabere ihu n’ | in | Mbuụzọ na-abịa n’azụ ngwaa |
| | Ga- | will/shall | Na-abịa n’ihu ngwaa tensị ndịnịihu |
| 2. | Ọdabere azụ kwu | also | N’azụ NP na n’azụ VP |
| | Cha | in addition to | N’azụ NP na n’azụ VP, n’ụfọdụ ọmụmaatụ |
| | | all | |
| | | | Naanị n’azụ ngwaa; n’ụfọdụ |
| | ọmụmaatụ n’azụ np naanị | | |
| | Li | actually | N’azụ ngwaa |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | Lili | really | N’azụ ngwaa |
| | Nwa | themselves | Nnọchiaha kentụkwasị. N’azụ NP |
| | Ni | dummy | Na-eso akara ajụjụ |
| | Ki | question marker | Na mbido ahịrịokwu |
| | Zi | then | N’azụ ngwaa, 2P, na ngwụcha ahịrịokwu |
| | Nu | you pl. | Akara onye nke abụọ (ụbara); n’azụ ngwaa |
| | Nu | please, polite, request | N’azụ ngwaa, anaghịcha anọ n’azụ aha nsina ngwaa dị ka kwe nu |
| | | | Nkwenye biko onye nke abụọ. M. ekene; Me ekele |
| | | | Biko kwe m ekele |
| | Fu | now | N’azụ aha nsina ngwaa |
| | afụ | that | N’azụ aha nsina ngwaa |
| | Kwe | dummy | N’azụ aha nsina ngwaa |
| | Kwa | every; repetitive | N’azụ aha nsina ngwaa |

**Nchọpụta na Mmechi**

Nchọcha e mere n'isiokwu nke akwụkwọ a egosila na e bu ụzọ akwụsị iwepu nnọso aha na Fụrenchị na Ịtalịan karịa na Bekee na Swidish nakwa na Katalan tupu na Dọọchị (Dutch). A chọpụtara na n'asusụ dịka Bekee, a na-eji aha nsina ngwaa na-enweghị nnọso arụ ọrụ na mwube pụrụ iche, ha na-ejikwa nghọta pụrụ iche abịa. Ọzọkwa, etinyeghị nnọso aha na nkebi mbuụzọ bụ ihe dị n'ọtutụ asụsụ ọkachasị na mbuụzọ nzimebe.

Mkpọaha na-enweghị nnọso ga-abụrịrị ihe dịka ụbara maọbụ mkpoolu igwe maka asụsụ dịka Bekee. A chọpụtakwara na nnọchiaha na-akpa ụdịrị akparamagwa mkpọaha ha na-anọchite anya ha na-akpa. Mkpọaha na nnọchiaha anaghị enwe nnọso n'ọdịdị nkịtị ha. Ọ bụrụ na o nwere, ya na ntụ okwu n'asụsụ Igbo ga-agakọrịta.

Mkpọaha na-enweghị nnọso ga-arụnwu ọrụ dịka nghọta aha na Chinese. Agụmagụ nsonso na mpụta nkwuso n'asusụ mba ụwa gosiri na nkwuso pụtara n'oge n'asụsụ ebe ntinye nkwuso nọ n'izugbe, dịka o si dị n'Ịtalịan, Katalan na Griik. Nnara na-enweghị nnọso na Katalan na isiahịrị na nnara na-enweghị nnọso Bekee na-enwekọta otu agwara. Nchọputa gosiri na ọdabere anaghịcha adabere n'ukwu ya n'ụdị ụda dịka e kwuburu na mbụ, e gosiri ọtụtụ ọnọdụ ọdabere na-ewe n'asụsụ Igbo. A chọpụtakwara na ọnụnọ ọdabere na-emetụta nghọta ahịrịokwu. Ntinye/ọnọdụ ọdabere na-adị n'agbanyeghị nghọta ụfọdụ mwube.

Anyị na-emechi site n'ikwu na ebumnuche akwụkwọ a, nke bụ, ilebanye anya na mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso na ụfodụ ọmụmaatụ mwube ụbara na-enweghị nnọso pụtara n'asụsụ. Akwụkwọ a lebakwara anya n'ụdịdị na ọnọdụ ọdabere n'asụsụ Igbo. O doro anya n'Igbo nwere ntụnye dị mma ime n'atụmatụ sayensị asụsụ n'izugbe, ọkachasị n'ihe gbasara ọnọdụ ọdabere n'okwu na ndabere ụda. Anyi enweghị ike ime nchocha dizu mma banyere isiokwu n'ihi oge. Ya bụ, anyị na-atụnye alo ka e mee nchọcha n'ọdịnịihu iji kowamie mkpọaha na nnọchiaha na-enweghị nnọso, ụdịdị na ọnọdụ ọdabere n'asụsụ Igbo.

**Edensibịa**


Agbedo, C. U. (2015). *General linguistics: Historical and contemporary perpetives.* Nsukka: KUMCEE Publishers.

Anagbogu, P. N. (1982). Some notes on nu as a plural marker in Igbo. *Journal of Society for Promoting Igbo Language and Culture (SPILC)*, 78-80.

Anagbogu, P. N., Mbah. B. M. & Eme, C. A. (2010). *Introduction to linguistics (2nd Ed.).* Awka: Amaka Dreams Ltd.

Anderson, S. R. (1990). Morhological theory. In F. M. Newmayer (ed.), *Linguistics: The Cambridge Survey* Vol 1 (pp. 147-191). Cambridge: Cambridge University Press.

Carlson, G. (1977). Reference to Kinds in English. PHD Dissertation, University of Massachusetts at Amherst.

Chierchia, G, Guasti, M. T. & Gualmini, A. (1999). Nouns and articles in Child Grammar and the syntax/semantics map. Ms. University of Milan, University of Siena and University of Maryland.

Chierchia, G. (1998). References to kinds across language. *National Language Semantics*, 6, 339-405.

Crystal, D. (1997). *A dictionary of language and linguistics*. Oxford: Basil Blackwell.

Dayal, V. (2002). Number marking and (in)definiteness in king terms. Ms. University of Rutgers.

Dayal, V. (2003). A semantic for pseudo-incorporation, plurality and the incorporation of plurals: A dynamic approach. *Catalan Journal of Linguistics*, 3, 45-73.

Emenanjo, E. (1978). *Elements of modern Igbo grammar*. Ibadan: Oxford University Press.

Eyisi, J. (2002). *A grammar of English language*.

Guasti, M. T. & Gavarro, A. (2003). Catalan as a test for hypothesis concerning article omission. In B. Beachley, A. Brown, & F. Collins (eds). *Proceedings of the 27th Annual Boston University Conference on Language Development* (pp. 288-298). Somer-Ville: Casadilla Press.

Halpern, A. (1995). *On the placement and morphology of clitics.* California: CSLI Publications.

Katamba, F. (1995). Bantu phonology and morphology. In *LINCOM Studies in African linguistics*, 6, (p. 116). Munchen: LINCOM Europa.

Marinis, T. (in press). Minimal inquiries and the acquisition of the definite article in modern Greek. In *Proceedings of the 34th Colloquium in Linguistics*. Frankfurt: Peter Lang Verlag

Ofuani, O. A. (1982). Euphemisms in Igbo: A sociolinguistic study. *Journal of SPILC*, 1, 28-35.

Onah, C. C. (2010). *Assurance: The stepping stone to success in English (2nd ed.)*. Enugu: Onah Publications.

Yule, G. (2002). *The study of language: An introduction*. Cambridge: Cambridge University Press.

# Nsogbu Ịkụzi Ụdaolu Igbo N'ụlọ Akwụkwọ Sekọndịrị

by

**Ezema, Chinenye Anthonia**
**Humanities Unit School of General Studies**
**University of Nigeria, Nsukka**
**chinenye.ezema@unn.edu.ng**

**Ụmịedemede**

Nchọcha a lebara anya n'ọmụmụ ụdaolu Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị. Ọ bụkwa maka ịkụzi ụdaolu dị ka ihe ọmụmụ n'ụlọ akwụkwọ ka e mere nchọcha na ya. Ọ chọpụtara ụdaolu dị ka otu ihe ọmụmụ na-ahịa ndị nkụzi ahụ ịkụzi ya n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị n'agbanyeghị na e nyere ha (ndị nkụzi) ọzụzụ na nke a n'ụlọ akwụkwọ dị elu - Kọleji Edukeshọn na Mahadum. Ọ bụ otu isiokwu kacha enye ndị nkụzi nsogbu n'ịkụzi n'ụtọasụsụ Igbo. Itinye ma ọ bụ ịkanye akara ụdaolu site n'olu dị elu ma ọ bụ ala ekweghị ha akanye. Nchọcha a lebara anya n'ụdaolu na ihe ọ pụtara. Ọ gakwara n'ịkọwa ụdị ụdaolu e nwere, akara ha dị iche iche na nsorịta ha n'okwu na n'ahịrịokwu. Echiche atọ ka a ga-esi kanye akara ụdaolu bụ nke e lebara anya wee hụ nke a naghị ede ha n'ihi nhịamahụ dị na ya na ndị a nabatara a ka ji ede ihe ma taa. E mere nchọcha a na zonu mmụta Nsụka. Usoro e ji mee nchọcha bụ ndịmemecha. E ji ndị nkụzi dị iri iteghete na abụọ sitere n'ụlọ akwụkwọ dị iri na ise wee mee nke a. A chọputara site na data nke e wetara na njụmaza ma jiri pacenteji (%) wee gosi nsogbu/nhịa ahụ ndị nkụzi na-enwe n'ịkụzi ụdaolu n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị. Ndị nkụzi niile e jiri mee nchọcha kwetara na ha chọkwuru ọzụzụ n'ụdaolu na otu e si akanye akara ụdaolu. Ọ bụrụ na ndị nkụzi amụta ma mara ụdaolu na ịkanye akara ya nke ọma site n'ọzụzụ ha ga-enweta, ọ ga-ebelata ọsọ ha na-agba ịkụzi ya n'ụlọ akwụkwọ ma sikwa otu ahụ nwee mmasị na-akụziri ya ụmụaka bụ ndị ga na-aghọta ya nke ọma mgbe onye mara ya na-akụziri ha.

**Mkpọlite**

Ụdaolu bụ nke pụtara ịkpọli ụda elu ma ọ bụ ịkpọda ya ala oge a na-akpọpụta okwu. Ọ bụ etu e si eji olu akpọpụta okwu na otu o si ada oge a na-akpọpụta ya. Ụdaolu na-eme ka a mara ihe okwu pụtara ọkachasị ebe otu mkpụrụokwu nwere ike inwe ọtụtụ nghọta. Naanị ihe ga-eme ka amata ihe okwu dị otu a pụtara bụ site n'ịkanye ya akara ụdaolu iji gosi mgbe olu dị elu ma ọ bụ ala. Mbah na Mbah (2006) kọwara ụdaolu dị ka mpụtara njikwa ogo olu. Ha gakwara n'ihu kọwaa na ọtụtụ ihe na-emetụta ogo olu dị ka ndọtị mkpọụda nke na-eme ka ogo olu rịa elu. Nke abụọ, etu ikuku si aga na ngụ na-eme ogo olu ịdị elu ma ọ bụ ala.

Anagbogu, Mbah na Eme (2010) na nkọwa nke ha kwuru na ụdaolu bụ ndịiche dị n'olu dị ka o si gbasa nkejiokwu n'asụsụ ụdaolu, nke nghọta ya pụtara ihe nke ọma ma dị iche n'ụdị ya. Ndịiche dị n'ụdaolu n'okwu abụọ ma ọ bụ karịa na-esite n'asụsụ bụ asụsụ ụdaolu. Nke a pụtara ihe nke ọma n'asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo dị ka a mara bụ asụsụ ụdaolu. Ikekeọnwụ, Ezikeojiakụ, Ụbani na Ugojị (1999) mere ka a matakwa na ọtụtụ asụsụ mba Afrịka na ụfọdụ asụsụ mba Eshia bụ asụsụ ụdaolu. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ ka mkpụrụokwu si ada ka e si amata nghọta na mpụtara ya. N'asụsụ Igbo, otu mkpụrụokwu nwere ike na-akọwa ọtụtụ ihe. Ọ bụ ụdaolu na-eme ka a mata ihe mkpụrụokwu ọ bụla pụtara. Ọtụtụ mkpụrụokwu na-enwe otu nsụpe ma ha na-enwe nghọta dị iche iche. Ọ bụ ụdaolu na-eme ka nghọta ha na-egosipụta ihe ha pụtara.

E ji akara ụdaolu egosi ụdị ụdaolu e ji kpọpụta nkejiokwu dị iche iche. E nwere ụdị akara ụdaolu atọ n'asụsụ Igbo. E ji ha eogsi ka nghọta, ọnọdụ na ọrụ mkpụrụokwu si dị. Ha bụ:

Akara ụdaolu elu ( ´)

Akara ụdaolu ala ( ` )

Akara ụdaolu nsụda (-)

Mkpụrụokwu 'akwa' nwere ike ịpụta ọtụtụ ihe dị ka: ogodo; ọgọdọ; ime ọkụkọ; na ụrịa. Ọ bụrụ na a kanyeghị ya akara

ụdaolu, mkpụrụ edide ka ọ bụ. Ma ọ bụrụ na o bu akara ụdaolu na-egosi kpọmkwem ihe ọ bụ , onye akpọtaghị ya dara ya ada.

Ịma atụ:

1. ákwá (ụrịa)

ákwà (ọgọdọ)

àkwá (ime ọkụkọ)

àkwà (ogodo)

Ọmụma atụ ndị otu ọzọ nwere otu edide.

2. òké (anụmanụ na-arị arị)

ókè (ogige)

óké (abụghị a nyị m)

òkè (orubere)

3. ísí (obu)

ìsì (ahụghị ụzọ)

ísì (ùkò)

ísï (ighekọ)

4. ókwà (ichi)
ókwá (obere odo)

òkwà (ụdị nnụnụ)

òkwá (òtú)

5. áká (nku)

ákà (ụdị agwọ)

àká (na-agafe na)

àkà (ngwa mma)

6. ózò (ụdị anụ ọgụ)

ózó (ụdị echiche)

òzó (na-abụghị nke)

7 òkù (efere nkụwa (ụrọ)

ókù (ụba)

ókú (mmụmụ icheku)

8. ntú (asị)

ntú (uzuzu/icheku ọkụ)

9. nchà (nnyemaka ogbo)

nchá (dum)

10. mkpá (ncha)

mkpà (aga)

E lee anya na nọmba 1 rue 10, a ga-ahụ na a bịa na otu nke ọ bụla mkpụrụokwu niile e depụtara nwere otu mkpụrụ edide, naanị ihe dị iche na ibe ya bụ ụdaolu bu nke mere ka nghọta ha dị iche. Ọ bụ n’elu ụdaume (a e i ị o ọ u ụ) ka a na-akanye akara ụdaolu dị ka a hụrụ na nọmba 1 rue na 7. N’aka nke ọzọ, a na-akanyekwazị akara ụdaolu na myiriụdaume (m n) dị ka a hụkwara na nọmba 8 rue na 9. Nke a pụtara na ọ bụghị mkpụrụ edide niile ka a na-akanye akara udaolu. Naanị ụdaume na myiriụdaume na-ebu ụda na mkpọpụta ha. Ọtụtụ na-nwe nsogbu nchọpụta na ebe e kwesiri ịkanye akara ụdaolu. Tinyekwara ịmata ụdị akara ụdaolu a ga-akanye.

Dị ka e gosirila na e nwere akara ụdaolu atọ n'asụsụ Igbo - ụdaolu elu, ụdaolu ala na ụdaolu nsụda. Akara ndị a nwere njirimara ha na usoro ha si esorita onwe ha.

**Ntụleghari Agụmagụ**

E meela nchọcha banyere ụdaolu na akara ụdaolu. Mbah na Mbah (2010), Nwachukwu (1995), Emenanjọ (1987), na Green na Igwe (1963) ndị ọkammụta dị iche iche e lebara anya n'ụdaolu na ka a ga-esi kanye ha akara dị ka o kwesiri. A tụlere ụdaolu elu, ụdaolu ala na ụdaolu nsụda na ka e si kanye akara ha n'ọmụma atụ mkpụrụokwu ụfọdụ.

**Ụdaolu Elu**

Ụdaolu elu bụ ụdaolu ịrị elu mgbe a na-akpọpụta ụda. E ji akara nlamelu ( ´) egosi ya. Ọ na-:

- ebido mkpụrụokwu ma ọ bụ ahịrịokwu d.k. óché, élú
- anọ n'etiti mkpụrụokwu d.k. ógólógó njédébé
- anọ na ngwụcha mkpụrụokwu na ahịrịokwu d.k. Há gbùrù éwú
- eso ụdaolu elu ọzọ d.k. ányá ékwé
- edekọ ya na ụdaolu ala
- edekọ ya na ụdaolu nsụda

**Ụdaolu Ala**

Nke a bụ ụdaolu dị ala e ji (` ) egosi. Ọ na-:

- ebido mkpụrụokwu maọbụ ahịrịokwu d.k. àlà ìsì
- anọ n'etiti mkpụrụokwu d.k. ùdèlè àkùkò
- anọ na ngwụcha mkpụrụokwu na ahịrịokwu d.k. Ó bịàrà

- eso ụdaolu ala ọzọ d.k. ìtè ùgò
- edekọ ya na ụdaolu elu
- anaghị edekọ ya na ụdaolu nsụda

**Ụdaolu Nsụda**

Ụdaolu nsụda bụ ụdaolu elu gbadara ala. E ji akara uhie (-) egosi ya. Ọ :

- naghị ebido mkpụrụokwu ma ọ bụ ahịrịokwu kwụụrụ onwe ya d.k. égo éze
- na-anọ n'etiti mkpụrụokwu d.k. ngiga íjiji
- na-anọ na ngwụcha mkpụrụokwu d.k. nwóke ígwe
- na-eso naanị ụdaolu elu d.k. ája íme
- naghị edekọ maọbụ eso ụdaolu ala

**Ọrụ Ụdaolu N'assụsụ Igbo**

Ụdaolu na-arụ nnukwu ọrụ adịghị mgbagha n'asụsụ Igbo. Ọrụ ọ na-arụ gụnyere:

1. Ngosi ndịiche n'okwu abụọ ma ọ bụ karịa nwere otu nsụpe.
   - a. ákwá (ụrịa)
   - b. ákwà (ọgọdọ)
   - ch. àkwá (ime ọkụkọ)
   - d. àkwà (ogodo)

1. Ngosi ndịiche n'ahịrịokwu ajụjụ na ahịrịokwu nkwusa.

| | |
|---|---|
| a. Ò nò n'úlò | Ó nò n'úlò |
| b. Ó jere | Ò jèrè |

2. Ngosi ndịiche dị n'ọnụ ọgụ na nọmba nke.
   - a. áká átó

b. áká atọ

4. Ngosi ndịiche dị n’ahịrịokwu na nkebiokwu keaha.

a. Ngọzi bịara

b. Ngọzi bịara ...

5. Ngosi ndịiche dị na mkpọaha mgbe ọ na n’okwu na mgbe ọ na-egosi onwunwe.

a. udu ntị

b. udu ntị

**Nkanye Akara Ụdaolu**

Mbah (2009) kwuru na ọtụtụ ndị ọkammụta kwenyere n’ọnụ ọgụ ụdaolu e nwere n’asụsụ Igbo. Ebe ọ gbata uhie dịzi bụ ka e si depụta ma ọ gosipụta ha n’ihe a na-ede. Ụfọdụ na-ekwu na ịkanye akara ụdaolu n’ebe niile o kwesiri na-eme ka ndị mmadụ ghara inwe mmasị n’ịgụ ihe e dere. Ebe ụfọdụ kwenyere ka a kanye akara ụdaolu niile, ụfọdụ ekwetaghị na nke a.

**Usoro Odide**

Ọ dị echiche atọ pụtara ihe n’usoro ịkanye akara ụdaolu. Nke mbụ ma bụrụkwa nke ochie bụ nke R. C. Abraham wepụtara. Ọ dị mkpa ka a mara na a nabataghị usoro odide ya. Usoro a na-ekwu na :

a. nkejiokwu niile nwere ụdaolu elu na-aga ede ya na nnukwu mkpụrụ edide/leta.

b. nkejiokwu niile nwere ụdaolu nsụda a ga-eji nnukwu mkpụrụ edide wee bido ma dezie ụdaume na-eso ya n’obere leta ma ọ bụ ọ bụrụ myiriụdaume e jiri obere leta dee ya.

ch. Nkejiokwu niile bụ ụdaolu ala a ga-eji obere leta dee ha.

Omụma atụ

| | |
|---|---|
| áká | AkA |
| ákwá | AkwA |
| ego | EGo |
| ànya | ANYa |
| mmíri | MMIri |
| àlà | ala |
| àkwa | akwa |
| èfè | efe |

Usoro odide a e nweghị nnabata ozuru mba n'ụdị ka e si eji nnukwu mkpụrụ edide ede ihe, ọkacha n'ibido mkpụrụokwu, nkebiahịrị ma ọ bụ ahịrịokwu. Nke ọzọ, ọ na-emeka ihe e dere ghara ịdị mma ma mekwa ka ịgụ ihe hịa ahụ. N'aka nke ọzọ kwa, ọ na-eme ka a ghara ịma ka a ga-esi na-ede obere leta. Usoro odide a anwụọla, a naghịzi ede ya.

Echiche nke abụọ bụ nke ndị ndu ha bụ Welmers na Nwachukwu. E jirila nke a dee ọtụtụ ihe dị ka a ga-ahụ na Green na Igwe (1963), Welmers (1973), Nwachukwu (1983), na Mbah (1999,2006). Usoro odide anabatara akara nta abụọ maka ụdaolu atọ e nwere - ( ´) maka ụdaolu elu na nsụda na ( ` ) maka ụdaolu ala. Ọ na-ekwu ka:

1. a kanye akara naanị na mkpụrụ edide mbụ ma ọ bụrụ na ha niile nwere otu ụdaolu
2. ebe e nwere ndịiche n'ụdaolu elu na-esotenu, ka a kanye akara ụdaolu nke mbụ na ndị ọzọ.
3. e were akara ụdaolu gosipụta ụdaolu abụọ sochiri onwe ha dị, nke mbụ bụ ụdaolu elu ebe nke abọ bụ ụdaolu nsụda

Ọmumatụ

| | |
|---|---|
| Áka | áka |
| Ákwá | ákwa |
| Égo | égó |
| Ánya | Ányá |
| Mmíri | mmírí |

| | |
|---|---|
| Àlà | àla |
| Àkwà | àkwa |
| Èfè | èfe |

Echiche nke atọ nke Emenanjọ na Williamson nọ na ya kwuru ka:

1. aghara ịkanye ụdaolu elu niile akara
2. akanye ụdaolu ala niile akara
3. akanye udaolu nsụda niile akara

Ọmụmatụ

| | |
|---|---|
| áká | aka |
| ákwá | akwa |
| égo | ego |
| Ánya | Ánya |

| | |
|---|---|
| Mmíri | mmiri |
| Àlà | àlà |
| Àkwà | àkwà |
| Èfè | èfè |

**Ntụnyere Na Ndịiche Ha**

**Tebulu 1**

| **Okwu** | **Abraham** | **Williamson** | **Welmers** |
|---|---|---|---|
| íré (tongue) | IRE | Ire | Íre |
| élé (antelope) | ELE | Ele | Éle |
| áká (hand) | AKA | Aka | Áka |
| ákwà (cloth) | Akwa | Akwà | Ákwà |
| nwa óke (man) | NWA Oke | nwa oke | nwá oké |
| àlà (land) | Ala | Àlà | Àla |
| nkàtà (basket) | Nkata | nkàtà | nkata |
| égo (money) | Ego | Ego | Égó |
| ìkwìghìkwígh i (owl) | ikwighiKWIGH i | Ìkwìghìkwigh i | ìkwighikwígh í |

(Hụ Mbah (2009) ihu 116)

**Ịkụzi Ụdaolu**

Ịkụzi ụdaolu n'ụlọ akwụkwọ tụmadị na nke sekọndịrị bụ nke nchọcha a lebara anya. Ịkụzi ụdaolu n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị so n'otu n'ime ọmụmụ e nwere ma na-eme n'ụtọasụsụ Igbo. Ọ bụ

n’ihi na e mere nchọcha ka a chọpụtara na ịkụzi ụdaolu n’ụlọ akwụkwọ na-enye ndị nkụzi nsogbu. Na nchọcha Mbah (2009) mere maka ụmụ akwụkwọ na-agụ na ngalaba Igbo Asụsụ Nịajirịa ndị ọzọ, na ọmụmụ IGB 308 ebe ụdaolu so n’otu ihe a na-akụzi n’ọmụmụ ahụ.

Nchọcha a bụ maka ụmụ akwụkwọ nọ oge niile n’ụlọ akwụkwọ na ndị na-abịa naanị n’oge ezumike ogologo oge. Ndị na-abịa ọmụmụ n’oge ezumike bụ ndị e kwenyere na ha bụ ndị nkụzi n’ụlọ akwụkwọ dị iche iche. A chọpụtara na otu ajụjụ bụ nke a jụrụ maka ụdaolu na imirikiti ha azaghị ya. Ebe ndị nke zara ya aza ka ọtụtụ n’ime ha dara. Nchọpụta gosiri n’ihe ha ji agba ọsọ n’ụdaolu bụ amaghị isiokwu ahụ nke ọma nke mere na ha anaghị akụziri ya ụmụ akwụkwọ ha.

**Usoro Nchọcha**

Nchọcha nke a lebara anya na nsogbu ndị nkụzi na-enwe ịkụzi ụdaolu n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị. Ụdị nchọcha a bụ Ndịmemecha. Ebe e mere nke a bụ na zonu mmụta Nsụka. E ji ụlọ akwụkwọ iri na ise wee mee ya. Ndị nkụzi dị iri iteghete na abụọ n’ọnụ ọgụ na-akụzi Igbo n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ka e ji mee ya. E ji njụmaza dị iteghete wee weta ọsịsa ndị nkụzi gbasara nke a. E jikwa pacenteji wee yochaa data e nwetara. E ji akara ngosi anọ wee zaa njụmaza ndị ahụ. Ha bụ Ekwesiri m ike (EI), Ekwere m (E), Ajụrụ m (A) na Ajụsiri m ike (AI).

**Tebulu 2: Ịkụzi Ụdaolu N’ụlọ Akwụkwọ Sekọndịrị**

| N/i | Ajụjụ | %EI | %E | %A | %AI |
|---|---|---|---|---|---|
| 1 | Ụdaolu bụ otu ihe ọmụmụ n’ụtọasụsụ Igbo | 80 | 16 | 04 | - |
| 2 | Enwere m ọzụzụ n’ụdaolu | 60 | 20 | 05 | 15 |
| 3 | Ana m akụzi ya n’ụlọ akwụkwọ | 40 | 36 | 13 | 11 |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| 4 | Ama m akụzi ya nke ọma | 08 | 14 | 31 | 47 |
| 5 | Ama m akanye akara ụdaolu n’ebe o kwesiri | 08 | 14 | 36 | 42 |
| 6 | Enwere m ike ịza ajụjụ ọ bụla sitere n’ụdaolu | 06 | 10 | 35 | 49 |
| 7 | Ana m ezere ịkụzi ụdaolu n’ụlọ akwụkwọ | 45 | 25 | 25 | 5 |
| 8 | Ịkụzi ụdaolu edochaghị m anya | 48 | 25 | 24 | 03 |
| 9 | Achọrọ m ọzụzụ na nka ịkụzi na ịkanye ụdaolu | 79 | 11 | 06 | 04 |

**Nchọpụta**

Site na tebulu dị n’elu, a chọpụtara na ọtụtụ ndị nkụzi nwere nhịa ahụ n’ịkụzi ụdaolu. Ha kwenyere na a na-akụzi ya n’ụlọ akwụkwọ mana ọ bụghị ha niile na-ekwe akụzi ya n’ihi na ha amaghị akụzi ya nke ọma na ịkanye akara ụdaolu ebe o kwesiri. Ụfọdụ ha na-eze ịkụzi ya site n’ịmafe ya n’usoro nkụzi ha. Ha kwetara na ịkụzi ụdaolu edochaghị ha anya. Ha gakwara n’ihu kweta na ha chọrọ ọzụzụ pụrụ iche n’ụdaolu - ịkụzi na ịkanye akara ụdaolu.

**Nchịkọta Na Mmechi**

Ọmụmụ ụdaolu n’ụlọ akwụkwọ sekọdịrị bụ otu isiokwu e nwere n’ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo. Ọtụtụ ndị nkụzi na-agba ọsọ ịkụzi ya n’ihi na ha amaghị isiokwu a (ụdaolu) nke ọma. Nchọcha lebara anya n’ụdaolu na ihe ọ pụtara. Tinyere ụdị ụdaolu atọ e nwere n’asụsụ Igbo - ụdaolu elu, ụdaolu ala na ụdaolu nsụda na akara ha. E gosipụtara ezi nsorịta ha n’okwu na n’ahịrịokwu. Ọrụ ụdaolu na-arụ bụ nke a kọwapụtara n’uju na nchọcha a. Ụzọ

echiche atọ pụtara ihe n’ịkanye akara ụdaolu ka e gosiri na usoro odide ha.

Data e nwetara site na njụmaza ndị nkụzi zara gbasara nsogbu na nhịa ahụ ha na-enwe n’ịkụzi ụdaolu n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ka e ji pacenteji gosi. Ndị nkụzi kwenyere na ha na-enwe nsogbu n’ịkụzi ụdaolu n’ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ma kweta na ha chọrọ ọzụzụ pụrụ iche maka nke a iji kwalite mmasị ha n’ịkụziri ụmụ akwụkwọ nke a.

**Edensibịa**


Abraham, R. C. (1967). *The Principles of Ibo.Occasional Publications.* No. 4. Institute of African Studies, University of Ibadan.

Anagbogu, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to Linguistics.* Awka: Amaka Dreams Ltd.

Emenanjo, N. (1987). *Elements of Modern Igbo Grammar. A Descriptive Approach.* Ibadan: University Press Limited.

Emenanjq, N. E. (2015). *A Grammar of Contemporary Igbo* Port Harcourt: M & J Grand Orbit Communications Ltd.

Ezema, C. A. (2018). Ndubata N’ọmụmụ Asụsụ Igbo. Enugu: Computer Edge Publishers.

Green, M. M. & Igwe, G. E. (1963). *A Descriptive Igbo Grammar.* London: Academie-Verlag.

Ikekonwu, C., Ezikojiaku, P.A., Ubani, A. & Ugoji, J. (1999). *Fọnọlọjị na Grama Igbo.* Ibadan. University Press PLC.

Mbah,, B. M. (1999). *Studies in Igbo Syntax: Igbo Phrase Structure.* Nsukka: Prize Publishers.

Mbah, B. M. (2009). ‘‘ The Teaching and Learning of the Igbo Tone: Guides to its Effective Understanding in a Typical Classroom Learning Situation”. *Review of Education.* Vol 20 no. 1. Ihu 108-123.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2006). *GB Syntax: Theory and Application to Igbo.* Enugu: Cross River State Chapter of the Association of Authors.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2010). *Topics in Phonetics and Phonlogy. Contribution from Igbo.* Nsukka: AP Eụpress Publishers.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Nwachukwu, P.A. (1995). *Tone in Igbo Syntax.* Nsukka: Igbo Language Association.

Okonkwo, M.N. (1979). *A Complete Course in Igbo Grammar.* Lagos. Macmillian.

Ụwalaka, M.A. (1996). *Fọnọlojị na Ntọasụsụ Igbo.* Ibadan: Kraft Books Limited.

Welmers, W. E. (1973). *African Language Structures.* Los Angeles: University of California.